

Onye dere akwukwo a bu Sir Dr Bertram Iwunwa Nkemegemedi Osuagwu onye Eziome Mbieri n'ime Mbaitoli Local Government Area.

Odee a bidoro Ngalaba Igbo mbu zuru ezu n'ulo akwukwo Alvan Ikoku College of Education Owerri. Odee a edeela otutu akwukwo ma nke naanị ya dere ma nke ya na ndị ozo dere. Akwukwo ndi di otu a eruola iri ato na uma gunyere ndị a:-

Nwa Ngwii Puo Eze
Ndị Igbo Na Omenala Ha
Egwuregwu Igbo Abuọ Akwuuwa na Ụka Akpara Akpa
Ajuju na Aziza Igbo; JAT Igbo,
Soro m chia
Nkuzi Igbo
Asụsụ Igbo maka ndị Koleji a na-azu ndi nkuzi
Akwukwo Sayensị
Igbo Ndị Koleji
Igbo maka ndị Sekọndịrị nta
Fundamentals of Linguistics

ISBN 978 2842 29 x

Ark Publishers
P.O. Box 792
Umuahia
Abia State, Nigeria.

ISBN 978 284 229 x


**Ark Publishers**
P. O. Box 792, Umuahia,
Nigeria.

Bertram I.N. Osuagwu

NKEM EJEE AMERICA

Ark Publishers

# NKEM EJEE AMERICA



BERTRAM I N OSUAGWU

# NKEM EJEE AMERICA

Ms Frances Nkiru Pritchett
9 Rosemont Drive Little Rock
AR 72204 USA.
Compliments from enyi gi

Bertram.

BERTRAM I. N. OSUAGWU

Ark Publishers
Umuahia, Owerri, Port Harcourt, Lagos, Onitsha, Enugu, Abuja

© Bertram Osuagwu 2001

ISBN 978 2842 29 x



# Ihe dị n'akwụkwọ a

*Nkọwa–Nkem ejee America* vi
*Ekele* vii
1. Maka U. S. A.(U.S. na nkenke 1
2. Nkwado njem 3
3. Ka m si laghachi Owere 10
4. Ejee m America 13
5. Ije eru o 18
6. Tebulu ụgbọ elu na-efe n'ụwa 20
7. Ebe m gara 29
8. Nkọwa ihe a hụgasịrị 'Yankee Stadium na base ball' 32
9. Ụlọ United Nations Organisation (UNO) 38
10. "World Trade Center" 44
11. Capitol 48
12. Arlington Memorial Cemetary 50
13. White House 55
14. Philadelphia 58
15. Connecticut 63
16. Yunivasitii nke Yale 64
17. Southern Connecticut College 69
18. Ọdụ ụgbọ elu New Haven 70
19. Peabody Museum 71
20. Ụgbọ ala 73
21. Ọnụ ụgbọ ala 79
22. Ịsa ụgbọ ala 80
23. Okporo ụzọ ha 82

24. Telefomu 86
25. Banki 88
26. Ọkụ na mmiri 90
27. Nri ha 91
28. Nri Họtelụ 95
29. Shọpụ ha 98
30. Iso iwu 100
31. Ụlọ Ha 101
32. Postu Ọfịsị 102
33. Ndụ Ha 103
34. Mmechi 105
35. Akwụkwọ ndị a rụtụrụ aka 106
36. Ajụjụ 107



**MAKA ỌGỌ M NWOKE**
**PROFESSOR CHIBUZO OGBUAGU**
**COMMISSIONER FOR EDUCATION**
**ABIA STATE**

**NA**

**NWUNYE YA**
**PROFESSOR STELLA OGBUAGU**
**(NEE OSUAGWU)**
**DEPUTY VICE CHANCELLOR**
**ABIA STATE UNIVERSITY**
**UTURU**

**NA**

**ỤMỤ HA**
**CHIBUZO NA ONYEMA**

# Nkem ejee America

## NKỌWA

Ọ dịghị mfe mmadụ ichipụ sị na ya ga-eme nke a ma ọ bụ nke ọzọ. Nke ka nke ọ dịghị ofere mmadụ ịpụta n'ụra sị na ya ga-eje America. Akụkọ a na-eso bụ ụzọ mụ nwa bụ Bertram Iwunwa Nkemgemedi Osuagwu si chepụta n'echiche sị na mụ ga-eje America wee meekwanụ wee jee ya. Ahụla m ọtụtụ ndị jere mgbe gboo ma lọta. Ọtụtụ ndị a bụ ndị nne na nna zigara. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị ezi na ụlọ ha zigara, ndị ọzọ bụ ndị obodo ha zigara ma ọ bụ ndị gọvmenti zipụrụ ka ha gaa jee mụọ amụmamụ dị iche iche ma ọ bụkwanụ ozi ọzọ dị mkpa dị ka ndị na-ejeere ha ozi. N'ebe mụ nwa nọkwanụ ọ bụghị nne na nna m zigara m, ka ọ na-abụ ezi na ụlọ ma ọ bụ gọvemnti.

Ọ bụ ka ndị ụfọdụ si emekwanụ ya taa ka m si ka m gbalịa meekwanụ ya bụ ichipụ jee legharịa anya n'oge ezumike m bụ ihe a na-akpọ leave n'olu Bekee.

Mgbe m kpebiri na nke a bụ ihe m ga-eme agbara m mbọ dị iche iche iji wee kwado ịhụ na njem ahụ nwere isi. Ebe ọ bụ na nwunye m agaala ebe ahụ mbụ ọ dịghịrị m ike igwa ya na m ga-aga. O kwetakwara ọsọ ọsọ.

Ihe ọzọ kpatara m ji wee kpebiekwa na m -ga-eje ya bụ ije bụ na ụfọdụ mmadụ edeelá akwụkwọ omenala Igbo tinyekwara mụ ọnwe m dere nke a na-akpọ Ndị Igbo Na Omenala Ha ma ọ dibeghị onye dere Omenala ma ọ bụ ụzọ ndụ obodo ọzọ n'Igbo. Nke a ka m kpebiri sị mee elu mee ala na ọ bụrụ na ụkwụ m tụọ n'America na m ghaghị ide ihe gbasara ụzọ ndụ ha ụfọdụ ka ọtụtụ ndị mmadụ bi n'ala anyị nke na-agaghị enwe ike ọ bụladị ịrọ nrọ ije America nwee ike gụrụ n'asụsụ ha ama onye hụrụla America ga-agba maka America.

Tinyekwuo na nke a bụ na ụfọdụ ndị mmadụ na-eje ya na-aga ebe ahụ biri dị ka ha chefuru ụlọ. Ụfọdụ ndị na-aga alọta site n'ebe ahụ ma ha gara gụọ akwụkwọ ma ha gara sọ njem nleta ma ọ bụ nlegharị anya na-akọ akụkọ dị iche iche maka America. Ha na-akọ akụkọ America ha na-akpụnye ya nnu na ose nke o ji eme ndị na-agabeghị a na-achọ ụzọ ha ga-esi aga ma ọ bụ ha chee n'ebe ahụ yiri elu igwe ma ọ bụ ala ndị mmụọ. Nke a so wee mee ka m chee na ebe ọ dị otu a na m ga-agbalị gaakwanụ ebe ahụ ji ụkwụ m gagharịa, ji anya m legharịa wee ji ire ghọọ ụkwa na ichere ya.

Ihe ọzọ na-emekwa obi tukom tukom mere ka m ji sie ọnwụ ma ọ fọdụụrụ m ma ọ fọdụghị na m ga-eje bụ America otu ndị mmadụ si na-akọ akụkọ otu anyị si egwu ji ma ọ bụ abụ ede, ha kọkata ha sị mgbe ha nọ n'Amerika. Okwu ruo na nke a e lewezie ndị ahụ anya n'ọnụ ka ndị gbagbu agụ. Mana a sị okwu bàa n'ego ogbenye esere ọnụ ya.

Ihe niile ndị a tinyere ịbịa hụ ala ha sị na ọ bụ ala Chineke (dịkwa ka ala ndị ọzọ) na ọmaracha ihe ọma na ihe ndị aka mere dị iche iche nọ n'ala ha.

Ọ bụrụkwa na mụ abịachaa ya gagharịa lọta ya kọọ akụkọ ọnụ dị ka ọtụtụ ndị ọzọ ọ gaghị epu ome n'obi m na n'obi ndị ọzọ ga-anụ ya. Ọ bụghịkwanụ ọtụtụ mmadụ ga-ama maka ya. Nke a kpatara m ji jikwara wee dee ihe niile m nwere ike maka ya bụ njem. Dị ka o si dị m n'obi uche m na-abụ 'mgbe ọ ga-abụ' 'mgbe ọ ga-abụ'. E mesịa njem a wee bụrụ ihe nwere isi. Ya ka akwụkwọ jikwanụ nwee isi wee dịrị taa. Ebe ọ bụ na nwunye m ejeela lọta mụ ejeghị amaghị kaọ ọ ga-esi adị. Ya ka m ji wee jee.

Kemgbe Nkem si gachaa njem a ọ gakwara America ugboro atọ ọzọ ma gụọ akwukarọ ebe ahụ o si ya gaa biritụ ma gụrụtụ akwukwọ na Queen Victoria University nọ na Toronto Canada ma ji oghere ahụ rịa ụlọ elu kacha elu n'ụwa niile a na-akpọ Canadian Towers ma dee aha ya na adresị ya ebe ahụ. Ọ gakwaala Rome gagharịa na Vatican ọtụtụ mgbe. Ma n'ebe a ọ nyere anyị oghere ịgụ maka isi ije ya mbụ.

Zụọ ma gụọ NKEM EJEE AMERICA

# Ekele

Eji m nnukwu ekele n'ebe ezigbo ogo m na nwanne m nwaanyị ndị bụ Chibuzo Ogbuagu na nwunye ya Stella na umuaka ha bụ umụ ejima Chibuzo na Onyema ndị mere ka ije m a nwee isii. Ikele ha ekele otu a na-akọwaghi akọwa a gaghi eziputacha ihe ha bụ.

Chibu bụ onye na-agụ akwụkwọ ngụrụcha inwe nzere dọkịta ya bụ Ph.D na 'Political Science'. Ọ bụ na Yunivasiti Yale bụ ọkpọka yunivasiti nọ n'America. Ọ na-eme risachi ya ebe ahụ ma na-akuzikwa. Nwanne m nwaanyị bụ nwunye ya bụ ọgụnyụchara n'akwụkwọ na yunivasiti nke Nsukka n'afọ 1974. Ọ nọkwa n'igụ akwụkwọ ngụrụcha inwe nzere dọkịta (Ph.D) na yunivasiti nke Pensylavania nọ na Philadelphia.

Ebe ha abụọ nozi ka ndị gbara isi ahakaha n'akwụkwọ ha nke ọ bụla na-agba mbọ ka ọ mechaa ọsiisọ, ọ bụ n'ọnọdụ dị otu a ka m jekwutere ha. Ọ burụ ọtụtụ ndị ọzọ ha agaraghi inwe oge ha ga-enye m. Mana ọ bụghị ha. Ha wepụtara oge ha, ego ha, ugbọ ala ha wee dugharia m ọtụtụ ebe ụkwụ m na-agaraghị iru na ebe ọtụtụ ndị birila America ma ọ bụdị ndị a mụrụ ebe ahụ na-erubeghị. Ya bụ enyere m ha nnukwu ekele purụ iche.

Ekelekwara m ụmụ ha ndị nke mere ka nwee ike zutụ ike karia sọọsọ a gachaa m nọdụ ala na-edetu ihe m hụrụ ubọchị ahụ. Ọ burụ na ha nyere m nsogbu ọ gara ime ka m ghara idecha ihe niile a ebe ahụ; agaraghị m inwe efe gwuo egwu ụfọdụ na mmeghari ahụ m mere mgbe mụ na ha nọ. Ha kpọkatara m 'big uncle' wee kpọba m 'beer uncle' ọ bụ eziokwu na m naghị aṅụ 'beer.'

Ana m ekelekwa nwunye m na ụmụaka ndị lere anya mụ ejee lọta ha na ụmụnne m niile na ndị enyi ndị bịara n'ọdụ ugbọ elu n'Enugu bịa zute m. Ọ bụghị ọtụtụ ka e nwere ike imere otu ahụ.



Ana m ekelekwa onye kụpụtara m akụkọ n'igwe na ndị niile gụgharịrị m ya na ndị zipụtara m ya ugbu a. A na-eme otu a, akwụkwọ a na-amụbasa.

Tutu mụ edesịa akwụkwọ a mmadụ abụọ ndị a enweelarị nzere Ph.D. ha. Enyere m ha nnukwu ekele na otuto ma tụọkwara Ọbasị bi n'elu mma mma maka idu ha n'ime ya. Ekelekwara m onye ọ bụla na-agụ akwụkwọ a maka mmasị ya na ịmụta ihe n'ime ya.

**Dr. Bertram I. N. Osuagwu**

Nov. 8 -


# Maka U.S.A. (U. S. na nkenke)

## Steti dị na ya

Dị ka Nigeria ji bụrụ ihe a na-akpọ 'Federal Republic' otu a ka America ji bụrụ 'Federal Republic' nke nọ n'ime ugwu America. O nwere ihe ndị gbara ya gburugburu. N'ugwu ya bụ obodo Canada, n'ọwụwa anyanwụ ya bụ Osimiri (Atlantic) na mgbada ala ya bụ Mexico n'ọdịda anyanwụ ya bụ Osimiri Pacific. Steti ole nọ n'ime ya dị iri ise. N'usoro otu a ka ha si bata n'ime ya bụ nnukwu otu steti ndị jikọrọ onwe ha ọnụ ịbụ U. S.

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1. | Delaware | 2. | Pennsylvania |
| 3. | New Jersey | 4. | Georgia |
| 5. | Connecticut | 6. | Massachusetts |
| 7. | Maryland | 8. | South Carolina |
| 9. | New Hampshire | 10. | Virginia |
| 11. | New York | 12. | North Carolina |
| 13. | Rhode Island | 14. | Vermont |
| 15. | Kentucky | 16. | Tennessee |
| 17. | Chio | 18. | Louisiana |
| 19. | Indiana | 20. | Mississippo |
| 21. | Illinois | 22. | Alabama |
| 23. | Maine | 24. | Missouri |
| 25. | Arkansas | 26. | Michigan |
| 27. | Florida | 28. | Texas |
| 29. | Iowa | 30. | Wisconsin |

| | |
|---|---|
| 31. California | 32. Minnesota |
| 33. Oregon | 34. Kansas |
| 35. West Virginia | 36. Nevada |
| 37. Nebraska | 38. Colarado |
| 39. North Dakota | 40. South Dakota |
| 41. Montana | 42. Washington |
| 43. Idaho | 44. Wyoming |
| 45. Utah | 46. Oklahoma |
| 47. New Mexico | 48. Alaska |
| 49. Arizona | 50. Hawaii |





# 2 Nkwado njem

Ịga njem na-adị ụtọ ma ọ na-ewe ọtụtụ ihe. Ọ na-ewe ego na-ewe oge. Nke kacha bụ na ọ na-ewe echiche mgbe mmadụ ga-abịa bịa chewe ihe ọ ga-eji jee, ụzọ ọ ga-esi eje, mgbe ọ ga-eje na nkwadobe ọ ga-eme maka njem ahụ.

*Passport:* Nke mbụ bụ na onye na-aga njem dị otu a ga-ebu ụzọ nweta ihe a na-akpọ passpọt. Passpọt a dị iche na mpempe foto na-ezipụta ihu mmadụ a na-ese nke na-aza aha a. Ma e leghi anya ọ bụrụ n'ihi ihe a a na-akpọ passpọt ka e si wee na-akpọ foto ihu a, passpọt. A na-aga n'ọfịsị ndị na-enye passpọt bụ akwụkwọ ikikere ịga njem jee nata ha fọm nke onye na--achọ ịga njem ga-edepụta ihe a chọrọ n'ime ya dị ka aha onye ahụ, ebe a mụrụ ya, ndị mụrụ ya, mgbe a mụrụ onye ahụ, ebe onye ahụ na-achọ ije na ihe onye ahụ ji achọ ije ebe ahụ. E mesịa onye ahụ ga-ede aha ya na mkpirikpi dị ka onye ahụ si ede ya n'akwụkwọ o ji eri ụgwọ ma ọ bụ n'akwụkwọ ndị ọzọ dị mkpa. Onye ahụ ga-achọkwa onye a ma ama dị ka onye ọrụ gọmenti ọkwa ya dị ukwu ma ọ bụ onye ukọchukwu ma o bụ ọkaiwu onye ahụ edee na ya ma onye a na-achọ ịnata passpọt na onye ahụ bụ onye kwesịrị ntụkwasị obi. E mechaa onye ahụ ga-anyapado otu foto ya nke passpọt ma tinyekwa otu ọzọ na nkịtị. Onye ahụ ga-etinye akwụkwọ ga-egosi mgbe a mụrụ onye ahụ ma ọ bụ fo onye ahụ gbara. Ihe a na-emekarịbụ onye ahụ ya n'ụlọ ikpe site n'aka majistret ma ọ bụ registra ụlọ ikpe ahụ ga duọ isi ma ọ bụ ñuọ iyi sị na ya gbara afọ ha otu a ma ọ bụ na a mụrụ ya mgbe dị otu a. Onye ahụ ga-ewere akwụkwọ ha ga-akụ stampu tinyekodo ya na fọm a ahụ wee kwụọ naịra iri wee nyehachi ndị ọfịsị passpọt.

Ugbu a ịnweta passpọt dịzị ofere n'ihi na e nweziri ọfịsị a na Steti ọ bụla. (N'iji maa atụ nke Imo dị n'otu ogige ọrụ ya na ọfịsị Kabinet)

Ọ bụrụ onye ọrụ na-achọ inweta passpọt a, ọ ga-anata akwụkwọ gosịrị onye ọ bụ site n'aka ndị ọrụ ya. Nke a ga-eme ka o nweta passpọt ya ọsọ ọsọ. Ma ọ bụrụ onye nkịtị ndị ọfịsị passpọt ga-ebụ ụzọ ziga akwụkwọ faịị ya naka ndị uwe ojii a na-akpọ C. I. D. na Bekee ka e mee nchọpụta ma onye ahụ ọ bụ onye agwa ọjọọ. Ha mechaa nke a ha ezilata faịlị onye ahụ n'aka ndị passpọt. Ozugbo nke a merela ọ dịzị mfe ndị ọfịsị passpọt inye onye ahụ passpọt ya. A naghị akwụ ụgwọ ọ bụla maka ya ma a kwụsịa ego ahụ bụ nke govmenti maara maka ya.

Mgbe ọfịsị passpọt dị sọ na Legọs a na-anụ akụkọ dị iche iche dị ka ndị na-enye ego na ndị na-arahụ n'ọfịsị ndị passpọt tụtụ ha enweta passpọt ha. Ugbu a ọ dịzị na steti dị iche iche akụkọ ndị a abụrụla ihe mgbe ochie ma onye na-achọ passpọt marakwa ihe ọ ga-eme. E nweta passpọt a mara na ọ bụla ije otu nde maịlị na a tụnyela otu ụkwụ.

E nwetala passpọt ma nke ahụ bụ naanị otu mkpụrụ mmiri n'ime oke osimiri. Ọ bụrụ onye na-achọ ije gụọ akwụkwọ n'ala Bekee ọtụtụ ihe dịkwaara ya ọ ga-eme. Ọ ga-anata akwụkwọ gosiri na e weela ya na kọleji ma ọ bụ yunivasiti ọ ga-eje. Ha ga-eziteere onye ahụ fọm ọ ga-eji akwụnye ụgwọ akwụkwọ ya na nke ọ ga-eji ele ule olụ Bekee na nke ahụ isike ya. Onye dị otu a agaghị ije n'ụlọ ndị gọmenti na-ahụ maka ụmụ akwụkwọ na-achọ ije gụọ akwụkwọ n'ala Bekee jee zaa ajụjụ ọnụ ma gosikwa na ya nwere mmụta akwụkwọ ga-edu ya na ego ga-ezuru ya. Ya wụfue ogwe nke a e nye ya akwụkwọ ya amara na ije eruwele.

Ihe ọzọ ga-adịzị mkpa bụ ije kwuo okwu ihe a na-akpọ visa. Ọ bụrụ onye na-eje njem ezumike dị ka m jere ihe ga-adị bụ na onye ahụ ga-eje kwụọ ụgwọ ụgbọ elu ojije na nlọta otu mgbe nweta tiket. Onye ahụ ga-enweta lẹta site n'aka onye ọ ga-eje n'ụlọ ya n'ala Bekee ahụ ikwu na ọnọdụ ga-adịịrị ya. Nke a dị oke mkpa ọgwụla ma onye dị otu a o so na ndị ji ego achụ ego ga-enwe ike kwụọrọ onwe ya ụgwọ na họtelụ. A nachaa tiket a ije visa ka fọdụkwara. Onye ahụ ga-eje nata ihe a na-akpọ "tax clearance certificate" nke afọ atọ n'ala anyị ugbu a. Ọ bụrụ na ọ bụ onye na-erubeghị ogo ịkwụ taks onye ahụ ga-esi n'aka nna, nne ma ọ bụ onye na-eleta ya ka o ji ihe o ji kwụ ụgwọ tax kemgbe afọ atọ ya gara aga.



E nweta akwụkwọ a na-aga n'ọfisi ndị tax deere ha leta ma natakwa ahụ ihe ha kpọrọ "tax clearance" a iji gosị na onye ahụ kwụrụ ụgwọ tak ya kemgbe afọ atọ.

E nweta akwụkwọ tax a onye ahụ agazie na bankị ije zụta ihe a na-akpọkwa 'travellers' cheoue' ya bụ akwukwọ ego cheki nke onye ije. Onye na-aga Amerika ga-azụta nke ndị America dị na dọla. Onye na-aga ala Bekee ga-azụta nke ndị Bekee dị na pawundu 'pound' ụdị ego Naijiriạ na-eji mbụ. Onye na-aga n'akụkụ ụwa ndị ọzọ ị iche iche ga-azụta nke ego ndị ọ gaje be ha. Akwụkwọ ego ọ bụla ọ bụ onye na-aga sọ njem nwere naanị nke ọtụ nde naira izu. A gbanwochaa ya na dọla ndị America Ọ na-apụta ihe dị ka dọla otu nde narị dọla, asaa na ụma.

Onye natasịrị ihe ndị a nwekwara akwụkwọ dị mkpa onye ahụ ga-enweta. Nke a bụ akwụkwọ si n'aka ebe onye ahụ na-arụ ọrụ iji gosị na onye ahụ bụ onye ha ma ama na onye ahụ na-eje ije nnọtụ nke ezumike. Nke a bụ iji masie ndị America obi ike na onye ahụ jee na ọ bụghị maka ije nọọ ọdụ ebe ahụ birizie ebiri.

Ọ fọkwara otu ihe dị mkpa onye na-akwado ịga njem ga-eme tutu ụkwụ atụ ya na Legọs ije nata visa. Ndị na-eme nke a na-adụ ọdụ na ọ dị mma ka e mee ya ma ọ bụ malite ya tutu onye ahụ e kwuwe okwu visa. Nke a bụ ije n'ụlọ ọrụ ndị ahụ ike na steti jee dụọ ndụdụ maka ụmụ ọrịa na-efe efe, ọrịa ọganelu afọ otoro na anya uhie uhie. Ndị a bụ na Bekee maka "small pox, cholera na yellow fever". Onye a ga-adụ ha na-akwụ gọmenti ugwo maka ha. E nye onye ahụ rizit o jezie were ọnọdụ ya n'ahịrị ndị na-eche maka ya bụ ndụdụ. Ha na-adụ ya sọ ụbọchị abụọ n'otu izu ụka n'Owere, ya bụ na Mọnde na Fraịde malite n'elekere abụọ nke ogbulo ma ọ bụ ehihie. Ọ na-abụ a dụọ otu taa a dụọ nke ọzọ ụbọchị ọzọ. Ya bụ na ọ na-ewe ihe dị ka otu izu ụka na mkpirisi ma ọ bụ abụọ. Ha dụchaa onye ahụ ụzọ ọgwụ atọ ndị a ha enyezie onye ahụ satifiketi ahụ isi ike ga-eme ka a nabata onye ahụ n'ebe ọ na-aga.

Mgbe ihe ndị a zuru ije visa nke bụ akwụkwọ inye ike nnabata n'obodo ndị ọzọ enweela isi. Ihe dịzị mkpa bụ ịga gbara tiketi ụgbọ elu ma ọ bụrụ onye chọrọ iji ụgbọ elu gaa Legọs. Onye ahụ nwere ike isi Port

Harcourt ma ọ bụ Enugu. Ha abụọ bụ otu ọnụ ego naịra iri atọ na asaa maka ojije ne naịra ari atọ na asaa kwa maka nlọta. Ọ bụghị onye chọọ ịga taa ọ ga-agbara tiketi ụgbọ elu taa. Onye ahụ ga-enye abalị ole na ole ka ndị tiketi ụgbọ elu nwee ike gwa ya ma ọ bụ nye ya ike a na-akpọ 'o.k' tiketi. Nke a bụ tiketi ọ ga-eji o ruo o nweta ọnọdụ n'ụgbọ elu. Ọ bụgị nke a gaa arịọwa. Ma onye ahụ achọghịkwanụ iji ụgbọ elu o soro ụgbọ ala ndị ụkwụ dị ka Ekene Dịlị Chukwu, Ọsọndụ, Chi Di Ebere ma ọ bụ Uhuru ma ọ bụ ndị ọzọ. Onye na-achọghịkwanụ ụgbọ ala ndị bọsụ a nwere ike iji opi igwe, gwongworo ma ọ bụ "Lagos by air". Ndị a bụ ụmụ ụgbọ ndị na-anya ha na-agba ọnwụ ọnwụ ndụ ndụ, ka e ruo ka e ruo. Nke onye chọrọ ọ dị adị.

Ihe dị mkpa na njem a ugbu a maka ije nata visa na Lagos bụ na onye ahụ ga-ejide akwụkwọ ndị a dị mkpa:

- passpọt
- tiketi ụgwọ ụgbọ elu
- travellers cheọue' nke bụ ego ahụ ndị bankị gbanwooro onye ahụ
- Akwụkwọ ndị isi ọrụ onye ahụ nyere ya
- Leta onye ahụ gaje n'ụlọ ya nyere ya maka nnabata ya n'ala Amerika.
- Akwụkwọ uhie uhie nke ahụ ike.

Mgbe onye ahụ ruru Lagos ikekwe onye ahụ agaghị ama ụzọ ọ ga-esi eru Embassy ndị Amerika nke dị na 13 Eleke Crescent dị n'Ikoyi. Ihe ọ ga-eme bụ iji taksi wee gaa. Ma tutu onye ahụ abaa na taksi ya na onye taksi kwesiri ịkpazi ihe onye ahụ ga-akwụ bụ ihe dị ka naịra anọ, atọ ma ọ bụ abụọ site n'akụkụ Lagos onye ahụ si achọ ije ebe ahụ. Ọ na-aka mma mmadụ ruo Lagos taa ọ maa ụzọ jee Embassy ma chi foo. Onye hapụ onye taksi sị ya buru ya gaa mgbe ya ruru ya akwụọ ihe ọ pụtara n'ebughị ụzọ kpazie onye ahụ amara ŋa ya efuola. Onye taksi nwere ike bụrụ ya gbagharịchaa ma buruzie ya ebe ahụ gwa ya ihe meta pụtara.

Ịga n'Embassy a na-ama ụzọ aga ya. Mgbe m gara ebe ahụ mbụ na mbido afọ m ruru ebe ahụ n'ekere ise na ọkara nọmba ha nyere bụrụ 105.



Mgbe ha jiri kpọbata m n'oge ahụ a bụrụ n'elekere iri na otu. Ma nke a m gara n'oge a m ruru ihe dị ka ọ fọrọ nkeji iri na ise ke elekere asaa nke ụtụtụ kụọ. Nọmba m nwetara bụ nke 18.

E ruo n'Embassy ahụ ndị ọrụ ebe ahụ na-ebido n'oge gosibe ndị bịara ebe ahụ otu ndị America si ebi ndụ. A na-anọdụ ọdụ n'ahịrị n'ahịrị ruo mgbe a kpọrọ nọmba onye ahụ a bilie banye n'ụlọ site na mgbe ebe a dobere oche ndị ahụ nọdụrụ ala. A na-aba n'ime ụlọ ahụ ọ na-abụ onye ahụ na-azọba ụkwụ n'aga ọnụ ụzọ ahụ (ụzọ eji aka ya meghee ka onye ahụ na-aba o nwere onye ga-elele akpa ma ọ bụ ihe ọ bụla onye ahụ ji iji wee lee ma onye ahụ oji ihe dị ka egbe (n'ihi na o nwere egbe ndị dị ka pen a na-etinye n'akpa uwe) ma ọ bụ bomb. O nwekwara onye na-akwụ keresi ka osisi a mawụbere amawụbe ile onye ọ bụla na-abata anya. Ma a gwaghị mmadụ agwa ma ọ bụ onye ahụ emegharịghị ahụ a gaghị amata na onye ahụ bụ mmadụ. Ọrụ onye ahụ bụ ịhụ ka onye batara sị bata na ka ndụ mmadụ si pụ. Onye nwee ka o si mee dị ka ọ na-eme ihe mpụ onye ahụ amarala ihe ọ ga-eme ozugbo.

A bazie n'ime ebe a ga-enye visa a na-anọdụ n'oche mara mma nke karịrị otu narị n'ọnụ ọgụ. Ndị na-arụ ọrụ nọ n'aka nri ndị a bịara ịnara visa. Ndị a na-abịa ịnara visa na-adị n'ụdị dị iche – ndị na-aga Amerika maka ịgụ akwụkwọ, ndị na-aga njem nlegharị anya ma ọ bụ ịzu ike, ndị na-aga ịgwọ onwe ha na ihe ndị ọzọ. Mmadụ na-ezo ebe ahụ ka mmiri nke ka nke ọ bụrụ oge ọ bụ Summer n'ala ha oge ndị mmadụ na-eji achọ ịga America.

Oge mbụ ndị visa ahụ na-ahụ ihe dị ka otu narị mmadụ mana ugbu a ha na-ahụ karịa otu ahụ n'ihi na ha na-arụ ọrụ ọsọ ọsọ ọsọ ọsọ. Ha a naghị achọ itufu oge mmadụ na nkịtị. N'ebe ha na-anọ onye mmadụ visa nke nọ n'aka nri ndị a na-achọ visa ọ dị windo isii nke a ha-akpọ mmadụ bịa maka nke a ma ọ bụ nke ọzọ. Ha na-ejikarị (microphone) mikrofoonu ekwu okwu ka onye ọ bụla nụ. Ha bịa ha akpọọ mmadụ ise ise, ma ọ bụ iri iri ma ọ bụ iri na ise, iri na ise si ha bịa na windo nke mbụ, nke abụọ ma ọ bụ nke atọ weta akwụkwọ visa nke ha nyere onye ọ bụla ebe ahụ ka ọ depụtachaa ihe ha chọrọ. Ihe a ha chọrọ bụ na onye ahụ ga-aza ajụjụ dị ka

aha onye ahụ

ebe onye ahụ na-aga (adresı)

ihe onye ahụ na-achọ ịga mee

Ma onye ahụ o jeela America mbụ

Ma onye ahụ o weela visa mbụ

Aha onye onye ahụ na-achọ

ịnọ na be ya.

Onye a kpọziri ọ ga nye akwụkwọ a na passpọt ya na akwụkwọ ọzọ ha chọrọ. Onye nye ya gaa nọdụ ala ruo mgbe a kpọkwara onye ahụ ọzọ. Ha kpọọ onye ahụ ọzọ ọ bụrụ maka ihụ onye ahụ na ijụ onye ahụ ajụjụ ụfọdụ iji mara ma onye ahụ ọ na-ekwukwa eziokwu maka ihe ọ chọrọ ịga mee. A jụsịa onye ahụ o jee nọdụkwa ala. O nweziri windo a ga-akpọ onye ahụ ọzọ ọ mara na nsogbu dị n'ihe visa ya. Ma a kpọzie onye ahụ ọzọ na windo nke mbụ nke abụọ ma ọ bụ nke atọ a mara na ihe gara were were onye ahụ ga-akwụzị ụgwọ visa were nke nke ya laa. Ya bụ visa bụ nwantịntị akwụkwọ stampụ a na-etinye akwụkwọ n'ebe e dere visa n'ime passpọt mmadụ dee ụbọchị e nyere ya onye ahụ na ọnwa ole ma ọ bụ afọ ole ọ bụ. Nke onye na-aga njem nlegharị anya na-abụ maka ọnwa atọ.

Nke m na ụzọ m si nata ya tụrụ m n'anya. Mgbe ha kpọrọ m nke abụọ m nyesigoro ha passpọt m na akwụkwọ ndị ọzọ ha jụrụ m ebe m na-arụ ọrụ na akwụkwọ ha nyere m. Ha jụrụ ebe nwaanyị m na ụmụaka m nọ. Ha jụrụ m mgbe m ga-eji alọta. Ihe niile ndị a bụ iji mata ma onye ahụ jee ma ọ ga-alọtkwa. Mgbe ha jụsịrị m zachaa ha, ha zikwa m m gaa nọdụ ala. O weghị ihe dị ka nkeji ise ọzọ ha akpọkwa m ọzọ na windo nke mbụ. Ka m ruru ha sị m weta m otu naịra na iri kọbọ ise. M werele nke a nye ha ha enyeghachi m passpọt m na nwa mpempe rizit ha tinyere n'ime ya na stampụ visa ha kụrụ n'ime ya. Ajụrụ m ha sị, 'Kedụ ihe ọzọ?' Ihe nwata nwa ọkọrọbịa ha kwuru bụ 'guy you can now go to the U.S.' Ya bụ 'enyi i nwere ike ịgabazị America': Obi m wuliri n'ọnụ dị ka mgbe Simeon n'ime Akwụkwọ Nsọ hụrụ onye nwe anyị anya. M siri ebe ahụ



zọlie ije nke dị ka nke onye na-ajụ sị mụ na onye ha. Ekelere m Ọbasị bi n'elu ka o si nyeere m aka ihe niile agaa ngwa ngwa. Site n'oge m ji ruo ebe ahụ n'ọfọdụrụ nkeji iri na ise ya eruo elekere asaa na oge e ji nye m ya bụ visa bụ ihe dị ka elekere asatọ na ntisi ihe o were m bụ otu awa na nkeji iri anọ na ise.

Mgbe m pụtara m mabakwara taksi ọzọ gawa na NET. Ihe NET pụtara bụ Nigeria External Telecommunications. Nke a pụtara ebe a na-anọ akụ waya ma ọ bụ akpọ mmadụ n'akụkụ ụwa dị iche iche. Ka m ruru ebe ahụ edere m aha ebe m na-achọ ikwuru okwu n'America kwụnye naịra iri abụọ n'aka ha. O rughị nkeji atọ m mere nke a ha akpọọla m ri sị ka m jee na mkpuru nke asatọ jee kwụọ okwu. Ka m na-atụtụlite foonu ahụ anụla m rị olu nwanne m nwanyị na di ya ndị m na-akwado ije n'ụlọ ha na New Heaven, Connecticut, U.S.A. Nkeji atọ ka mụ na ha kwuru okwu. Mụ na onye nke a kwuo otu mụ na onye nke ọzọ ekwuokwa otu. Mgbe m na-asị ka m kwuokwa ọzọ ebe niile adada jụụ ndị foonu akwụsịla anyị n'ihi na nkeji atọ agaala.

Ihe niile a emere m ha tutu elekere itolu nke ụtụtụ. Mgbe m mechaziri nke a laruo n'Ikeja ebe m nọ ihe ọzọ m meziri bụ na m chọtaziri ụzọ ịla.

# 3 Ka m si laghachi Owere

Ọ dịghị mfe mụ ịlaghachị ụbọchị ahụ ma m gbalịrị sie ọnwụ kachie obi sị ihe pụtara ya pụta na m ga-alarurịrị ụbọchị ahụ.

Agbara m takzi site n'Ikeja ruo na Maryland ebe m nọ chere ụgbọala na bọsụ ndị na-ala (East). Mgbe m nọkatara ebe a ọ dịghị nke m na-ahụ na-aga Owere ma ọ bụ Ọnịcha m chọwara ndị ga-alaru Ibadan. Mgbe m chekatara moto nke na-eje Ondo bịara hụ m kwụsị. Obi m esichaghị ike iso ha. Ma mgbe m lere anya hụ onye chị akwụkwọ n'ime ya na-ede ihe obi gbalara m na onye ahụ ga-abụ nwa akwụkwọ yunivasiti ma ọ bụ onye Youth Corps. Nwa okorobịa ahụ weliri anya elu sị m batawa na ya bụ nwa akwụkwọ nọ na yunivasiti na ya na-aga ụzọ ebe ahụ na ya ga-akwụzị n'Ondo. E kwuru ekwu e kwugị mụ na ha ekpebiela na m ga-akwụ naịra ise. N'atụfughị oge ezebala m akpa m rikpuo. Draịva gbaghara ụgbọ ala ndị n'ọzọ.

Anyị wee ruo n'Onọdo. Nwa akwụkwọ ahụ wee rituo. Draịva a asịghị m rituo. Ọ kwọrọkwara m tinye isi n'ụzọ gara Benin wee kwụrụ ruo mgbe ọ hụrụ ụgbọ na-aga Benin. Ọ kwụsịwara ya ma ọ kwụsịghị ọ kwụrụ chụwa ya na-egburu ya họnụ na-agbaara ya ọkụ. O mesiri kwaa oke ntụfụrụ gbafee ya n'ihu wee kwụsị ya m wee gbanwozie ụgbọ banye na nke ahụ site n'ikwụ ha naịra atọ. M wepụtara aka feela nwoke obi ọma ahụ baịyị baịyị. Taksi nke a kwọrọ anyị wee kwọruo n'ọdụ ụgbọ ala dị na Benin wee kwọghasịa anyị ebe ahụ. Oge a nsha nsha mmiri ebidola zọtụwa. 'Arịrọ nile anyị bụ ndị na-achọ ịla site ebe ahụ rịọrọ ya ka ọ kwọruo anyị ebe anyị ga-enweta takzi isit bụ ihe furu ọhịa. E mesịrị m banye takzi ọzọ nke na-agba na Benin wee sị n'ọdụ ụgbọ ala ahụ gbafee ime Benin ruo ebe a ga-enweta ụgbọ ala isit. Ka anyị ruru ebe ahụ m chọrọ otu ebe gaa zụrụ mmanya fanta na achịcha wee ñụọ ma tatụkwanụ



ihe ọtịta. Ka m na-añụ ihe ọñụñụ ahụ ka mmadụ abụọ bụ ọchọ passinja hụrụ m jụọ ebe m na-aga. M gwara ha na m na-eje Ọnịcha. Ha si na o nwere ụgbọ takzi ndị na-eje Ọnịcha. M sị ha na ọ dị mma ka m ñụchaa.

Ka m ñụchara na-achọ ịgafe okporo ụzọ ịga ebe takzi ndị ahụ nọ lekwa otu onye na-akwọrọ onwe ya sọọsọ ya nọ na-ajụ m sị "enyi ị na-aga Ọnịcha?" Obi tọọ m tọọ m m kwe ya n'isi ee. Ka m na-asị ka m baa ndị ọchọ passinja atọ ugbu a awụchiela sị na m gaghị aba. M chọọ ịbanye ha abịa n'ọnụ ụzọ ụgbọ ala ahụ nọchie. M sịrị ha ka m baa ha ajụ. M dụzie isi sị mee elu mee ala na m gaghị aba n'ụgbọ nke ha na m ga-agba ụgbọ ala nwoke m ahụ. M sịzie nwoke sị ya na-agba ntakịrị ntakịrị na-aga ka m na-ejekwa.

Otu mgbe m chere na anya ha erutekweghị ebe anyị nọ nwoke ahụ akwụsịlarị na-eche m. Ka m na-atụ ụkwụ sị ka m banye ndị ahụ ebuleeri ụgbọ ha gbabichie anyị ihu jụ na mụ agaghị aba. M sị ka m baa ha anọchie. M sikwa nwoke ya na-agba nwantịị nwantịị ka m na-agakwa. A sị na ihe ruo na nke atọ ya atọ. M gamiri karịa otu mbụ wee kwụsị chere. Ha na nwoke ahụ bachara mba tutu ọ kwọlie kwọọ ọsọ ọsọ ọsọ ọsọ bịakwute m sị m banye. M banyekwanụ ọsọ ọsọ ọsọ ọsọ. Ka m na-abanyecha ndị ahụ awụlitelarị buru ụgbọ ala ha gbachie anyị ihu. M jụọ onwe m sị onye a a na-eme ihe ọ bụkwa onye nwere ụgbọ ala nke ya. Ka m banyesịrị ụgbọ ala ha ezụolarị abụọ n'ihu anyị. Ma mgbe ihe ọ bụla na-eme o nwere ọrụ ebere Chukwu. Ka ha na-eme ka ha baa mba lekwa n'ihu ka ụgbọ ndị amị na-abịa. M wepụtara aka feere onye amị na-eti sị ya lekwa ka onye amị na-eji brek ịma ihe na-eme ha eji anya ọnwụ tụgharịa ụgbọ ala ha n'ike wee gbafunyụọ anya nke a n'akụkụ a, nke ọzọ n'akụkụ nke ọzọ. Anyị we nupu jirizie nwayọọ na-akpa nkata na-agba ihe dị ka kilometa iri asatọ n'otu awa. N'onwe m ana m agbaru kilometa narị ma ihe dị na mkpa. Ma nwoke a mee elu mee ala ihe ọ na-agba bụ ihe ọ na-agba. Anyị mesịrị ruo Ọnịcha n'elekere asaa na ọkara. Nwoke mere ebere kwọhaa m na rawụndụ abaụt Ọnịcha na Owere. Ebe ahụ ka m nọ nweta takzi na-aga Owere. O bu anyị tinyere onwe ya mmadụ asatọ. Otu nnukwu agbọghọ na odibo ya nwoke nta nọkwa n'ihu. Takzi a gbara awara awara wee ruo otu ebe ọ kwụsịrị nwa agbọghọ a na odibo ya arịda.

N'ebe anayị kwụsịrị anyị amaghị na ọ bụ n'ihu bankị dị ebe ahụ na a naghịkwanụ akwụsị ebe ahụ. O teghị anya ndị uwe ojii na-eche ebe ahụ abịala wụchie ụgbọ anyị sị na draịva na-eme ka a bịa ohi n'ụlọ akụ ahụ. Anyị arịọ elu rịọ ala sị ka ha hapụ anyị ma ha sịrị na ha agaghị eme ya eme. Nwaanyị ahụ mesịrị rịọ elu rịọ ala ha ajụ. Ọ sụrụ bekee ọ dịghị ihe ọ sụtara. Ọ sụrụ Yoruba ma nke ahụ enweghị isi. O mesiri sụọ Igbo ma ọ dịghị isi. Ha na ya bidoro kọwa ọnụ. Ha chọrọ ka draịva anyị nye ha kii ụgbọ ala ya ma draịva gbara isi akwara. Ọ sịrị ha ka ha gaba n'ụlọ ọrụ ha ajụ. Nwaanyị sịrị ha na ọ dị ma na ha ga-ama na ya si ebe ahụ. Anyị ahụkwaghị ya ọzọ ya na odibo ya.

Ka oge na-aga nwantịị ndị mmadụ na-agbakọba nwaanyị a awụchiele ya ya na otu onye isi ndị uwe ojii ebe ahụ. Ka ha bịaruru onye isi ndị uwe ojii bidoro jụwa otu n'ime ndị uwe ojii ahụ jidere anyị onye okwu sikarisịrị ike n'aka ya ebe okpu ya di o bidoro zawa ya saa na yesa ebe ọ dabara na ebe ọ na-azazị ajụjụ a onye isi ndị uwe ojii asịla anyị 'kọmọn get in an go'ṣ Ọzọ anyị gbakpuo n'ime ụgbọ A ala anyi ji ya na-agba ọsọ nke rọketi gburu mmadụ ka anụ ọhịa oge ọgụ agaraghị enweta onye ọ bụla. Ọ dị ka anyị ma o nweghị onye ọmịiko kwere ka ọ hapụ draịva anyị ahụ ebe ahụ. Ka anyị banyesịrị o kelere anyị nile anyị jirizie egwu na ọchị na akụkọ ihe merenụ na ike nwaanyị kpara wee ruo Owere. Ka anyị na-eru enwetara m takzi ọzọ bụụrụ m wee bulaa na be m. Ndị ụlọ m ekweghị na ọ bụ m. Nwunye m echeghị na m natara ya bụ visa. O chere na m chefuru ihe m bịara iwere. Ma e mesiri anyị kelee Ọbasị bi n'elu otu o si mee ije m adị mfe.

M gara ụnyahụ ma lọta ka nanị otu ụbọchị gara. M ji Ekene Dịlị Chukwu jee. Mgbe m na-alọta m agbara ụgbọ ise e si n'otu e fere n'ọzọ wee lọta. Ihe o ji wee dị otu a bụ na m chọrọ si elu mee ala mee na m ga-alọtaru ụbọchị ahụ. Nke ọzọ bụkwanụ na obi m siri ike nke ukwu n'ịlọta. Ka m rutere n'ụlọ ihe na-akụ bụ ọ fọrọ nkeji iri na ise elekere itolu abalị eruo bụ ije m malitere ihe dị ka elekere mbụ nke ehihie.



# 4 Ejee m America

Ka m ntasịrị ihe niile bụ ihe e ji eje, ọ dịghịkwa ihe ga-anabi nkịta ọnwụ. M gwara ndị enyi na ndị nwe m ndị kwesịrị na ha ga-ama ihe gbasara m na m ga-eje njem dị otu a. M na-elezi ụbọchị m ga-aga anya ka o ruo. Nwantịntị oge ụbọchị ahụ eruo. Ma tutu ya ndị enyi m ụfọdụ ezichaala m ozi dị iche iche ma ndị m ga-emenwu ma ndị m naghị emenwu. Ụfọdụ tụrụ m uwe n'enyeghị m ego. Ụfọdụ tụrụ akwụkwọ otu aka ahụ. Ndị dere leta a ga-enye ụmụnne ha bi ebe ahụ ka ha si n'aka m na ọ bụ n'aka ndị ọzọ ziteere ha ụfọdụ ihe ha na-achọ.

N'akụkụ ndị m na-eje na nke ha n'America ha gwara m ihe na ihe ụfọdụ m ga-ewetara ha dị ka akwụkwọ nri dị iche iche, ọjị na ose ọjị na okporoko. Agbalịrị m zụta ihe ndị a n'oge mịa ha ịkpọ ma a bịakwa kechisie ha ike ebe ụsị ha agaghị apụta. M chịrịkwara uwe ole na ole m ga-eji jee na otu akpa ukwu na otu akpa a na-akpa n'aka. Onye ọ bụla na-eje America na-ebu n'obi ịzụ ọtụtụ ụmụ ihe ndị ọ ga-eji alọta. Ihe ndị a bụ ụmụ afe onye ahụ na ole na ole nke ndị enyi na ndị ezi na ụlọ. Ụfọdụ na-azụkwa akpụkpọ ụkwụ na ihe nkesi dị iche iche. Ndị ụgbọ elu na-emezikwa ọgọ ikwe ka mmadụ buru ibu abụọ ma ọ bụ n'akpa n'akpa tinyere ndị onye ahụ ga-esekpu n'aka. Ya bụ ọ dịghị uru mmadụ isi n'ala anyị chijuo uwe ya na akpụkpọ ụkwụ maka njem izu atọ ma ọ bụ anọ di ka nke m jere.

N'isi ụtụtụ ụbọchị ahụ bụ abalị iri abụọ na isii n'ọnwa Ọgọstụ m jikwara n'oge gaa kpotee draịva ga-akwọ m jee. Anyị hapụrụ Owere ihe dị ka elekere isii wee ruo ọdụ ụgbọ elu Enugu n'elekere asaa na ọkara. Ka anyị ruru mmadụ atụọlarị n'ebe niile. Ejere m nọdụ n'ahịrị maka igosi ibu m ka a tụọ arụ ya ma gosikwanụ onwe m nọmba m nwetere bụ 56. Ka ha narasịrị m ibu m mụ na oriakụ m na enyi nwoke dupụtara m

na draịva jere ebe a na-anọ ezu ike eche ka ụgbọ elu bịa. Anyị jere zuru ụmụ ihe ndị a na-ata ata na ndị a na-añụ añụ were na-eche ka oge ruo.

O rughị nkeji iri atọ ụzụ ụgbọ elu adị. Ka ọ na-eme nwantịntị oge ụgbọ elu m ga-eso adaala. Aha ụgbọ elu aha bụ *Boeing 737.*

Ugbu a ọ kwụsịrị anyị amata na ọ bụ nke na-eje Lagos bịa lere ndị mmadụ, ndị nwoke, ndị nwaanyị, ụmụaka, okenye na okoro ka onye ọ bụla na-agba ọsọ iji zọta ọnọdụ dị mma n'ahịrị ahụ. E mesịrị mgbe ndị si Lagos alọta lọdatachara, anyị ebido banyewa. M na-aga m na-ele anya n'azụ ma m ga-ahụkwa oriakụ m na ndị dupụtara m. M gakata m tụliwe aka elu ime ka ha hụ m. Ma ha hụzịri m ma ha ahụghị m abakwara m. Anyị nile banyesịrị n'ihi na plen ahụ na-ebu ihe ha ka narị mmadụ ma anyị eruchaghị otu ahụ. Agara m ọsọ ọsọ jee chọọ otu oche nọdụ.

Ka anyị banyesịrị e mechiri ụzọ ha dụrụ anyị ọdụ sị onye na-añụ siga añụla ruo mgbe ụgbọ elu biliri. Ha sịkwa ka onye ọ bụla kee belt dị n'okpuru oche ya n'"ukwu iji jịdesie mmadụ ike. Plen nke a dị m mma. Ọ dighi ka F 27 na F 28 ndị nke m gbarala mbụ gaa Lagos ma ọ bụ Jos na Kano. Ndị ahụ na-ebu mmadụ ole na ole n'ịtụkọta ha na Boeing 737 nke a. A nọdụ n'ime ha na-efe mgbe ụfọdụ ọ dị ka ebe mmadụ nọ na ngwongworo. Ha na-ama ahụ jijiji na-emefu mmadụ ụfọdụ obi. Nke a na-ebu narị mmadụ.

Ka anyị na-efeli atụpụtara m anya na windo iji hụ ka ala ha na iji lee ma m ga-ahụ nwunye m ha. Ma ka m na-ele mmadụ na-adịzị na ntakịrị na ntakịrị ebe plen na-akwa ntụfụrụ n'ala gbanyọọ opi igwe ọ bụla. Ka e mesịrị anyị efelie feba n'ime urukpu. Ala erughizi anyị aka ka elu na-eru. Ma m fekwara aka ma o nwere onye hụrụ ya ma o nweghị, ọ bụ ka m ji kelee ndị mmadụ niile nọ n'elu ala ebe ọ bụ na m nọzị n'ikuku ugbu a. Ọ bụ ezi okwu na anyị na-efeli mmadụ anadị obere obere, ụlọ adịwa ka ogbe oroma, okporo ụzọ adịwa ka eriri a na-aganye n'alga. M hụchatara ihe ndị a ma otu e si rụọ plen agaghị ekwe ka onye nọ n'ala hụ ihe dị n'ime ya.

N'otu ntabi anya anyị efefuolarị. Anyị hapụrụ ihe dị ka elekere itolu nke ụtụtụ. Ha gwara anyị oge anyị ji na-ahapụ Enugu oge anyị ga-eji ruo



Lagos na ọ bụ n'ihe dị ka nkeji iri anọ na ise. Nke bụ ihe dị ka oge ndị kwọtara m n'Enugu ga-eji si Enugu gafetụ Agwụ ma rubeghị Okigwe. Ha gwara anyị oke anyị nọ n'elu mgbe ahụ na otu anyị ga-esi kwa ntụfụrụ.

Mgbe o ruru ihe dị ka nkeji iri na ise elekere itolu ji ga ndị ọrụ na plen ahụ ebuteleri anyị nri nke a kpọrọ 'burger snacks na mmanya. Ihe niile dị n'akwụkwọ nkechi n'akwụkwọ nkechi (paketi). Ha jụkwara ma o nwere onye chọrọ Wisiki. Ka anyị na-ericha nri na-aracha ọnụ ha amawala ọkwa na ọ fọdụrụ ntakịrị ka anyị ruo Murtala Muhammed Airport. Ha sịkwara onye ọ bụla na-añụ siga kwụsị, ka onye ọ bụla keekwe belt ya nke ọma. Ka ọ fọdụrụ nkeji iri elekere iri akụọ anyị efedelarị na lagos. Plen a mara mma n'ihi na e wepụ ụzụ ya ma mbili ya na ọdịda ya ọ dighị mkpọtụ a na-enwe n'ime ya.

Otu ọ dị n'Enugu n'ihi ọtụtụ mmadụ na-eche iga Lagos otu ahụ ka ọ dị na Lagos bụ ndị na-eche iga Enugu. Ha nọ anọ na-eche ka anyị rịdaa. Ka anyị rịdasịrị anyị agaa ebe ibu na-anọ wee chere. N'Enugu anara m ha akwụkwọ e ji ede aha n'ibu wee dee nke m tinyekwara tiketi, ha tapanyere n'ibu nke ha tinyekwara na tiketi nye m. O teghị anya ha ebuputa ha n'eskeletọ (Escalator)[2]

Ka anya kpọrọ m ibu m m bupụtara ya wee jee ebe ndị nche nọ. Ha lere ma ọ bụkwa nke m wee sị m ka m fee. Ka m na-efeta ndị takzi ejularị na-ajụ m sị 'ọga hụ saị ide go?' M sịrị ha na ọ dighị ebe m na-aga. M pụtachara zuo ike nwantịntị ma họrọ takzi nke kwọruru m ebe m ga-anọ ruo mgbe m ga-apụtakwa maka njem nke America

Ka m ruru ebe m ga-ano n'Ikeja wee na-eche oge m hụrụ na m ka nwere oge buru ibu ịnọ nkịtị. M gbarakwara gawa na N.E.T. ije gwakwa ọgọ m nwoke na nwanne m nwaanyị na otu ukwu nozo n'ibịa ebe ahụ. M gachara lota bịa irie eri ehihie ma cherekwa ka abalị na-abịa. Ọpụpụ plen Nigeria ga-eje America ụbọchị ahụ bụ n'ọfọrọ nkeji ise ya bụrụ elekere iri na abụọ abalị ji eke abụọ.

Ka abalị na-abịa m na-agwa nwanne m nwoke m nọ n'ụlọ ya n'Ikeja na-arụkwa, oru na NAA[3] na oge eruwele. M na-agwa ya na oge eruwele

ya a na-akara m na oge dị na ya ga-edupu m n'oge. M gara rahụtụ ụra ma teta tutu elekere asatọ nke abalị. M nụrụ tii ha nyere m saa ihu m tiri uwe m buputa ibu m wee gwa ha na oge eruola.

O mesiri kwọrọ m ya na otu enyi ya nwoke maka idupu m. Ka anyị ruru n'nọdu ụgbọ elu nke Murtala Muhammed anyị siri ebe ala ya gbaa gburugburu gbagoo n'elu ya wee kwụsị moto anyị ebe ndị oru ebe ahụ na-edobe ụgbọ ala ha.

M wee sekpụrụ ibu m galie wee ruo ebe ndị njem a na-ebido igosi onwe ha. Hạ lere tiketi njem nke m wee hụ na aha m dị maka ụgbọ elu ahụ na njem nke W. T. 850. Ha nara m ibu m lelee ka aru ya dị ma mapanye ya tiketi iji mata ya ma mapanyekwa otu na tiketi njem nke m. Ha nyere m akwụkwọ depụta maka ego ole m ji eje njem ahụ na ebe m na-eje. Mgbe m desiri nke a anyị jeziri ebe ha lelere passpọt m wee dee ya ihe sị m gafee. Ma ka m na-agafe ebe ahụ o nwere nwaanyị ha jidere. Ọ dị ka o ji ọtụtụ ego gafere ihe a chọrọ ka e jide. Tutu a na-ekwu o bidola ji olu nwayọọ riọba ha nyebe ha ego. Ma m nụrụ ka ha na-asị ya "madam" na nke a abụghị nke ego na ha ga-akpọ polisi". Ka ha na-ekwu nke a agafeelarị m ma jizie ọdụ anya na-ele ihe ha na nnukwu madam ahụ na-eme jikwa otu ntị na-ege. Ụjọ adịghị m ma otu n'ihi na onye adịghị ihe ọ bu a dịghị ihe ọ ga-akụwa. Ihe m ji gaa bụ ego ha gbanwonyere m n'Owere. M nwetaghị ego nke ndị America. Ha nyere m nke ndị Bekee nke ha sịrị m na m nwere ike ịgbanwe na New York. A gụkọta ego nile m iji, ọ bụ:

(i) Pound narị asaa na pound iri asatọ. Nke a bụ ihe otu puku naịra m pụtara na ngbanwe ya n'ego ndị Bekee.

(ii) Naịra iri atọ

(iii) Dọla iri abụọ na ụmụ irighiri senti, nikel, na silva dị ka ndị Amerịka na-akpọ ha.

M mechara gaa nọdụ ala ebe ndị na-eche ịga ofe mmiri na-anọ. N'ebe a ka nwanne m nwoke ahụ na enyi ya nọzị sị m gaa nke ọma wee lawa.



Ka m nọzị ebe ahụ m mechara gagharịchara, lẹgharịa anya ma jee chechaa ihu na shọpụ niile nọ ebe ahụ. Azụrụla m ihe a na-etinye na brọshị e ji echicha eze wee tinye n'akpa. O teghi anya m batachara otu onye registra n'ebe m na-arụ ọrụ na-agakwa America maka igụkwu akwụkwọ abịa. Anyị makụrụ onwe anyị wee werezie mkparịta ụka na-eche oge.

2/21

5

# Ije eruo

Anyị nọgidere na-eche ka oge ruo ma na-akparịta ụka dị iche iche ma ndị bụ ezi ma ndị bụ ka a sị. Mgbe o ruru ihe dị ka ọ fọrọ nkeji iri atọ ka elekere iri na abụọ etiti abalị ruo ha mara ọkwa sị ndị na-aga U.S. ga-eji ụgbọ WT 850 nke ga-apụ n'etiti abalị (2355) jee n'ebe a ga-anabata ha. Ka ha kwuchara nke a anyị awụlie gaa kwụrụkwa n'ahịrị n'ahịrị.

Ha naara ọnye ọ bụla akpa ọ kpa n'aka ma dọnye ha n'elu otu igwe wee wepụta ya n'isi nke ọzọ onye ọ bụla ewerezie nke ya. Mgbe mgbe m jụrụ ihe mere ha ji mee nke a ha sị na ọ bụ iji mara ma o nwere akpa ihe dị a egbe ma ọ bụ bọmbụ nọ n'ime ya. Ha na-eme nke a n'ihi na ndị mpụ akarịala. O nwere ndị na-ezo egbe ma ọ bụ bọmbụ n'ime akpa ha ha bazie na plen. Ha pụọ n'ụzọ ha echegharịa ihu n'ebe pilot bụ onye na-anya ụgbọ elu ahụ anya chee ya egbe n'ihu sị ya buru plen gaba ebe onye ahụ chọrọ. Ọ bụrụ na pilot emeghị otu a ọ gbagbuo ya. Ụfọdụ ndị na-eme otu a na-asị ọ bụrụ na e nyeghị ha ego ha otu a ma ọ bụ mee ya otu ọzọ ihe dị otu a emee.

Ụfọdụkwanụ na-abụ ndị ike ụwa na-agwụ ma ọ bụ ndị chọrọ ka aha ha pụta n'ihe akụkọ nwere ike iji bọmbụ mee ka ụgbọ elu gbawasa mmadụ niile anwụọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji rụọ ihe ga-enwe ike inyopụta ebe ihe dị otu a dị n'akpa ma ọ bụ ibu ndị mmadụ.

Ka akpa anyị na-agafe, n'igwe otu a ka e si nọchị n'ụzọ anyị si aga sị anyị welie aka elu a na-ebisa onye ọ bụla aka n'ahụ iji mara ma o nwere ihe dịkwa ka egbe ma ọ bụ egbẹ ọkụ bụ bọmbụ ndị mmadụ tigidere onwe ha n'ahụ ha. Onye e lesịrị o sekpụrụ akpa ya galie gaba na plen. Anyị gagidere otu ahụ otu otu ruo ka anyị gabachara na plen. Site n'ebe a a na-eleta ihe mmadụ bu ruo ebe plen dị, karikwara nzọ ụkwụ narị abụọ ma



ọ bụ atọ ma otu e si rụọ ya ọ dịghị ebe mmiri ma ọ bụ anwụ ga-esi ruo onye ahụ ahụ. N'ikwu eziokwu ijeri narị naịra atọ ndị amị ji rụọ ya bụ ọdụ ụgbọ elu ahụ efụghị na nkịtị. Ọ bụkwa eziokwu na onye na-ele ya sọ site n'ezi agaghị amacha ka ọ dị. Ebe niile n'ime oghere ụzọ a bụ ọkụ ọkụ. Otu a ka anyị zọgidere ije na ya wee ruo na ụkwụ akpa anyị na plen.

Plen ahụ bu DC 10. Ọ na-ebu ihe dị ka narị mmadụ atọ na iri ise. E tinyezie mmadụ niile ọ na-ebu ma na ndị ọrụ ya ọ ga-eru narị mmadụ atọ.

Ka m batara ahụrụ m na e kere ime ya ụzọ abụọ ya 'first class' a bụ ndị mbụ ndị nọketere ebe pailọt na-adị.Ndị ọzọ, nọzi ebe, ndị ọzọ. Ndị ọrụ n'ebe ahụ lere tiketi m anya wee hụ na nọmba nke m bụ 14A. Ha kpọọrọ m wee gosị m ebe oche 14 dị na nke bụ A ya.

# 6 Ụgbọ elu ụfọdụ na-efe n'ụwa

| ỤDỊ | Pasịnja ọ na-ebu | Maịlị mmiri ede ha na-eferu n'elu | 'Ole A tụrụla n'ime ha | 'Ole nọ anọ ugbu a. |
|---|---|---|---|---|
| **BOEING** | | | | |
| Boeing 707 | 160 | 4,800 | 941 | 936 |
| 727 | 143 | 1,900 | 1,781 | 1,594 |
| 737 | 100 | 1,900 | 789 | 643 |
| 747 | 452 | 5,700 | 528 | 430 |
| 757 | 178 | 2,200 | 42 | Ga-ebido 1983 |
| 767 | 211 | 2,900 | 148 | Ga-ebido 1982 |
| **MCDONNEL DOUGLAS** | | | | |
| DC 10 | 270 | 3,500 | 362 | 326 |
| DC 9 | 115 | 1,500 | 1,041 | 936 |
| **LOCKHEED** | | | | |
| L – 10 | 290 | 5,200 | 234 | 174 |
| **AEROSPATIALE/BRITISH AEROSPACE** | | | | |
| CONCORDE | 100 | 3,350 | 16 | 9 |
| **AIRBUS INDUSTRIES** | | | | |
| A 300 | 260 | 3,100 | 275 | 92 |
| A 310 | 210 | 3,100 | 129 | Ga-ebido 1983 |
| **BRITISH AEROSPACE** | | | | |
| BAC – 11 | 100 | 1,650 | 230 | 225 |
| **VEW – FOKKER** | | | | |
| F 28 | 85 | 1,000 | 160 | 150 |



NB: Mgbe ụfọdụ ndị ụfọdụ na-enwe ọnụọgụ ndị pasịnja ha na maịlị ole ha na-anọ n'elu ọ dị iche na ndị ọzọ n'ime otu ha. (Time, Eprel 7, 1980)

Ime plen a dị ka ime ụlọ ụka e dozichara oche ya nke ọma n'usoro n'usoro n'ahịrị n'ahịrị. Oche atọ atọ dị n'aka ekpe, oche abụọ abụọ abụọ dị n'aka nri, oche ise ise anọdụ n'etiti. Oghere adị n'agbata ahịrị oche etiti ndị a na ndị nọ n'aka ekpe na n'aka nri. Ka m lere anya n'ihu ọ dị ka m gaa ebe oche ndị ukwu ahụ bụ ndị 'first class' ma onye mkpụmkpụ na-ekowe akpa ya ebe aka ya na-eru. Ọkụ na-enwu n'ime plen a, mere ya dị ka anyị nọ n'etiti ehihie. Ha na-akpọkwa egwu rekọd nke na-erupụta nwayọọ nwayọọ dịka serendị n'olu Bekee. Serendị a bụ egwu enyi mmadụ ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị na-ekwere onye nke ọzọ site na windo n'ime abalị na ndeeri. Ikekwe i nwere ike icheta serendi ndị redio na-egwu tutu ha emechie nke ụbochị ọ bụla dị ka 'Elizabethan Serenade' nke na-agụ n'olu nwayọọ nwayọọ otu a, tata taam-ta, tata taata tata taata.

N'ihi nọmba e nwere maka oche ọ bụla na nọmba e nyere onye ọ bụla o mere ka onye ọ bụla chọta oche ya n'enyeghi ibe ya nsogbu. Ebe dum dakwara jụụ ka a batasịrị. Ọ bụrụ na a na-anwụ anwụ echetaghịkwa m n'ihi na m sị ọ bụrụ na mmadụ ha otu a n'ụbara ga-anwụ otu mgbe na ụjọ agaghị atụ m.

Dị ka m si kwu ọkụ elu na ọkụ ala na-enwu baa nke mere na ose ọjị daa e nwere ike ịtụụta ya. Ala ụgbọ dị pịarịị n'ụkwụ n'ihi na e ji kapet

dị yọrịị ma maa mma ile anya wee tụọ na ya. Ọ dị ka ezigbo ụlọ gomenti n'onwe ya ji aka wee kwaa ngwa ya ma dozichaa nke ọma.

N'ime plen a enwere ihe dị ka uko n'aka nri, n'aka ekpe na n'etiti ebe ndị mmadụ dọnyesiri ụmụ ihe ha bu n'aka bata ga-enye ha nsogbu ma ha buru n'aka ha ma ọ bụ dobe n'ebe ha ga-edobe ụkwụ ha. E tinye a dọchie nke ahụ. N'oche ọ bụla e nwere ebe ha tinyere akpa ikuku (laịfụ vestu) nke ọ ga-abụ a sị ihe sie ike onye ahụ anyara ya sị n'ụzọ ntụmade (emergency exit) e tinyechara na plen si wụpụ. Onye ahụ ejirizie nwayọọ dawa ma ọ danyere na mmiri ma ọ bụ ọ danyere. Nwa akwa brangidi e ji awụchi ahụ ma oyi tụba nọkwa. E jikwa ọkụ gosị ebe ụlọ mpochi na nwa amiri nọ. N'ihu oche ọ bụla, n'azụ oche nọ n'ihu, e nwere ihe dị ka tebulu e tinyere ebe ahụ ka ọ ga-abụ onye ahụ chọrọ iri ihe ma ọ bụ ide ihe onye ahụ adọpụta ya. Onye ahụ richaa ma ọ bụ derechaa ọ kwabakwa ya n'ime. Ọkụ e ji ahụ ụzọ maka igụ akwụkwọ ma ọ bụ ile ihe oge bụ dịkwa ma nwee mgbanye na mgbanyụ ya n'aka oche. O nwekwara ụmụ oghere nọ n'elu isi nke na-ewebata ikuku.

Tutu anyị amalite ha bịara gosị anyị ụzọ a ga-esi eji laịfụ vestụ ahụ azọ onwe anyị ma a sị plen ahụ mee penge. Ma nwanne m a sị ahịa esula n'ihi na ya su ọ dịghị onye ga-amakwa ebe abọ ya dị ọ gwụlakwa ma ọ bụ ndị obi siri ike. Ha dịkwanụ ole?

Ka o ruru elekere iri na abụọ nke etiti abalị ụgbọ elu anyị bido sụwa injin. Ha mara ọkwa ugbu a sị onye ọ bụla kee laịfụ beltụ ya n'ukwu na anyị na-efeli ugbu a maka ije New York. Ha kwukwara na anyị ga-efeli elu ihe dị ka fitii pukụ iri atọ na puku asaa na anyị ga-efe n'elu ihe dị ka awa iri n'akwụsịghị akwụsị wee ruo New York. Ha siri ka onye ọ bụla nwee nchekwube na mmasị n'ije ahụ. Na nkeji abụọ gara n'elekere iri na abụọ nke ụtụtụ ka anyị ji wee felie. Anyị dịzị ka nnụnụ, elu eru aka ala eru aka; Naijịrịa adịghịzị nso. New York tere aka.

Ka o ruru nkeji iri atọ elekere mbụ nke ụtụtụ jiri gaa ndị ọrụ ụgbọ ahụ kelere anyị ekele ụtụtụ ma bunyewe anyị nri dị na ngwungwu. Osikapa, anụ na mmiri e ji eri ya tinyere karọt. Fook, ngaji nta na nke ukwu a fụchara akwụkwọ mechie dị na ya. Ose, nnu, shuga, milik, kọfị, chiizi,



mkpịsị ihụsị eze na nwa mpempe akwụkwọ dị mmiri mmiri a ga-eji hịọchaa aka na ọnụ nọkwa ya. A fụchara ihe niile akwụkwọ rachie ọnụ ha. Nke a tọghazịrị a hụ ihe dị n'ime ya. Ha mechara nyekwa tii ma ọ bụ kọfị. Nke onye chọrọ ọ nara. Ọ bụ n'oghere nọ n'akụkụ oche ndị etiti ahụ na ndị nọ n'aka nri na n'aka ekpe ka otu nwa okorobịa na otu ọmarịcha nwa agbọghọ si na-akpụfe nri ndị a na-enye ndị mmadụ. E mesịkwara ha enye mmiri ọñụñụ ma nyekwa mmanya maka ndị chọrọ. Mgbe nke a na-aga o nwere nwa agbọghọ ọzọ bu eriri a na-akpọ 'ear-phone' ya bụ eriri wire rụba a na-etinye na ntị maka iji nụ ntị ebe ụzụ dị. Ọ na-enye ya ndị chọrọ na naịra abụọ maka iji lee sinima dị n'ihu anyị. Ebe m na-enweghị ego dị nta mabeghịkwanụ otu ebe m na-aga dị atụfụghị m ego igbaziwe ya bụ eriri e ji ege ntị.

Kemgbe anyị ji gawa ajụbeghịkwanụ m onye nọ m n'akpa ekpe na ada ya ndị so m nọrọ n'otu ebe n'oche ma ọ na-ere ere ma ọ na-azụ azụ. Ma ka ya bụ nwoke hụrụ ka aka na-ahịọ ghara ghara na dayarị m nke m na-ede ihe nile na-eme na nke m na-ahụ ọ jụọ m onye m bụ. Mgbe ahụ ka anyị kọwara onwe anyị. Ya nwa bụ ode akwụkwọ ndị Ọnịcha Lokal Kaụnsụl na-eje ezumike. Mu nwa kọwakwara onwe m. Ihe anyị ji gbachi nkịtị ruo ugbu a bụ na nghọta m na onye ọ bụla ma sọ onwe ya n'ebe m na-eje. Ma a sị e kwe ekele ihu agbaa. Ka anyị kọwachara onwe anyị akụkọ na-abụzị anyị kọọ n'elu anyị akọọ n'ala. Ma ka anyị na-akọ aka ezughịkwa m ike mgbe m hụrụ ma ọ bụ nụ ihe m ga-ede maka ya. N'ime plen ahụ e wezụga onye rejistra mụ na ya si otu ụlọ akwụkwọ o nwekwara ndị ọzọ matara m. Ha nọkata ha agarute kparatụ m anyị achịa ha agaakwa n'oche ha ga nọdụ.

Ije anyị na-aga bụ site na Lagos ruo na New York bụ ije ruru mailụ puku isii bụ e febe a kwụsịghị akwụsị. Ọ gwụrụ ike ma n'ihi ihe anyị nọ n'ime ya, ihe nlere anya ọma nọ n'ime, ya na nri ndụ na ya. Ka o fọrọ ihe dị ka awa abụọ anyị eruo ha nyekwara anyị nri ọzọ.

Dị ka m siri kwuo ụlọ mpochi mmiri dị kwa ebe ahụ ụfọdụ gaa na ya ha apụta. M chọghị ka ihe ọ bụla gaa n'isi. M gakwara ebe ahụ wee hụ na ọ bụ eziokwu na ebe ahụ dị ntakịrị mana ọ maka ncha e ji akwọ aka, akwụkwọ e ji echicha aka na enyo dị kwa ya. Onye mesịa pupu ọ gbaghee

mmiri ọ bupụ ya. M mechakwara ihe niile dị mkpa ebe ahụ ma hicha ya aka na ihu m pụtawkanụ ka ndị ọzọ.

Ka ọ ruru nkeji iri abụọ na asaa elekere ise nke ha gwara anyị erulere ọdụ ụgbọ elu ukwu nke ndị New York a na-akpọ "John F Kennedy International Airport". Dị ka Naijirịa jiri nnukwu Ọchịagha Murtala Muhammed wee gụọ nnukwu ọdụ ụgbọ elu nke Naijirịa aha nwoke a, otu a ka ndị America ji wee kwekọta wee jiri aha Prezidenti nke iri atọ na ise ha ha hụrụ n'anya e gburu egbu wee gụọ ọdụ ụgbọ elu ha ukwu aha. Ka anyị na-eze ihu n'ọdụ ụgbọ elu a, nwanne m bịa lere! Ọ bụ gịnị? Ọkụ dị iche iche ndị na-acha ọcha, ndị ọbara ọbara, ndị uhie uhie, ndị akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ ma ụdị m hụrụla mbụ ma ndị anya m na-akpọbeghị. Ha na-enwu tụnwụ tụnwụ, zaa zaa. Ebe niile na-eke dị ka ebe a chịkọtara kpakpando nile dị n'igwe ọnụ. A sị na dimkpa etobeghị agara m iti mkpu.

Nke a chetaara m maka otu nwatakịrị otu enyi m nwoke na nwaanyị ya si n'ime ime obodo kpọta maka ikuuru ha nwa. Nwa ahụ ahapụbeghị ụlọ ha mbụ gaa ebe ọzọ. Otu ụbọchị ha gara Aba. Ka ha na-eru Aba nwata ahụ ụlọ niile dị n'Aba ihe pụrụ ya n'ọnụ bụ "Anti lelenụ ụlọọ!" Agara m iti mkpu n'olu dị ike ma "m jidere onwe m lepụrụ anya tie n'obi m ma mee dị ka ọ bụ ihe m hụgoro ọtụtụ mgbe.

Ugbu a ha gwara anyị ka anyị jide onwe anyị kee beltụ, kwụsị ịnụ siga na anyị ga-ahụ alọda. Ha sị na 'temperature' oge ahụ bụ 24$^0$C ma ọ bụ 76$^0$F. N'elekere ise na ọkara kpọmkwem plen anyị awụọ ụkwụ n'ala. N'aghaghị onye ọ bụla anyị niile akụwara pailọt aka. Ha sịkwa anyị na anyị eruola mana onye na-edepụtabeghị akwukwo nke a na-enye maka ịbakpu n'ime Amerịka ma e wezụga ndị America n'onwe ha na ndị amaala ebe ahụ ga-echere ruo mgbe onye ahụ nwetara akwụkwọ ahụ denyesie ihe a chọrọ n'ime ya. Aha pailọtụ (kwara ntụfụrụ) a kwụsịghị akwụsị wee kwaa ya awa iri na mkpirisi bụ Kapitin Osakwe. Aha nwoke nọkwa m n'aka ekpe ya na ada ya bụ Maazị Ifeka.

Oge a anyị na-eche ka m jụrụ Maazị Ifeka sị kedụ ka ọ dị, o kwuo n'olu Bekee sị "a big hop across the continents, so far and yet so near."



Anyị nọzị ha enyechaa anyị akwụkwọ anyị etinyechara aka na ya wee kwadozie ịpụ na plen. Ejere m kpọtụrụ onye rejistra anyị na ya so na otu nwunye enyi anyị sịkwa Owere na-eje ịgukwu akwụkwọ n'Amerịka.

Anyị niile sekpụrụ akpa anyị guzoro ọtọ ma onye ukwu ma onye nta na-apụ otu otu. Ka anyị na-apụ obi ha m ka nke onye butere akpa nnu. Dị ka m si kwụ maka ụzọ e si abanye na plen n'Ikeja otu a ka ọ dị bụ na nke New York. Ihe dị iche bụzi na nke a a tụrụ ya kapet dị yọrịị nke na-emekwa ụkwụ nwụrụ nwụrụ

Anyị gawakwara ụzọ na-akpọda akpọda ruo mgbe anyị nụziri ebe a ga-elezi anyị anya mara ihe kpatara anyị ji bịawa America Ndị a bụ ndị imigreshọnụ Ka anyị ruru ebe a onye ọ bụla na akpa o sekpụ n'aka anyị anọkwa n'ahịrị n'ahịrị. Ọkụ na-enwukwa ebe ahụ zaa. Ọ dịghị mkpụrụ aja ma ọ bụ ihe iru inyi m hụrụ nga ọ bụla. Ugbu a oge eruola elekere isii na ọkara. Oge nke Naijirịa ugbu a bụ ihe dị ka elekere iri na otu na ọkara nke abalị n'ihi na oge ndị Amerịka ebe a na New York ji ihe dị ka awa ise nọrọ nke Naijirịa n'azụ. N'ebe enyị nọ n'ahịrị ka m nọkwa wee hụmaa onye nkuzi m nke bụkwa nnukwu onye nkuzi n'ukwe a na-akpọ Prof. Laz Ekwueme na-akụzi na Yunivasiti nke Lagos. Ebe a ka mụ na ya nọ kparịchaa ya agwa m na ya na-eje Rhodes Island.

N'ahịrị ahụ nọ na ya a na-eme onye o ruru nke ya ọ bụrụ na onye ahụ na onye ọzọ so ma ọ bụ ha bụ otu mmadụ ha na-agakọta ọnụ a jụọ ha ajụjụ otu oge. Mgbe o ruru esekpụụrụ m akpa m gaa. N'ebe ahụ ha jụrụ ma mụ abịala ebe a mbụ na ebe mụ ga-anọ na adresi ebe ahụ. Ha jụkwara m izu ụka ole m chọrọ ịnọ. M gwara ha otu ọnwa. Ha wee deba ya n'akwụkwọ ha denyekwara m ya na passpọt m. Ha sị na m nwere ike ịnọ ruo Septemba 30. Mana obi m agwala m na m gaghị anọfe 20 n'ime Septemba bụ oge ezumike m nwere ga-agwụ. Ọ bụkwa ụbọchị ahụ ka m na-ezube ịla. Ka nwaanyị onye ọcha a denyesịrị m akwụkwọ ọ sị m gawazie. Agafeela m me ihu ọzọ bụ ịchọta ibu m. Ihe a a na-akpọ eskeletọ ebuputala ha kemgbe. M gaghariri wee hụ ebe akpa ukwu m jiri si ụlọ bịawa nọzị. Ihe m ji mata ya bụ aha m gbara na ya ya na tiketi ha tapawara na ya tapawakwa na tiketi ụgbọ elu m ji bịa. Otu ibu ahụ ji dị

arọ ọ bụghị ihe a na-ebu n'aka ma ọ bụ n'isi. O nwere okpore dị iche iche nọ ebe ahụ. Ejere m sekpụrụ otu, mabulite ibu m tụkwasị na ya kporeke ya gawa ebe ha ga-ele ibu anya tutu onye ahụ a na-apụ.

Ka ha sị m bịa meghee akpa, agara m ọsọ ọsọ gaa bunye ha ya n'ihi na ọ dịghị ihe a naghị ebu ebu mbu. Sọ nwa ntinti egwu m nwere bụ maka ụmụ mkpụrụ ọjị m tinyere n'akpa nke ukwu. Ma ha asịghị m meghee akpa nke ukwu ahụ. Nke ha sị m meghee bụ akpa m bu n'aka. M meghee nke aka ọkụ ọkụ ha lesịa ya ya sị m mechie gawa. Onye ka m bụzi? Ụkwụ eruola m America

M kpụụrụ ibu m ahụ pụta webupụta ya n'okpore ahụ dobe n'ala dorozie ya dị ka ebe a na-adọ nkịta aka na ntị dorue ya ebe otu oche nọ nso, n'ọdụ ala. O teghị anya enyi m nwoke nke ọzọ apụta ya na ndị ọzọ mụ na ha matakwara ma tutu a bịawa ije na ndị m matakwara na njem ahụ.

Mụ na enyi m nwoke ahụ makụrụ onwe anyị kwekwa n'aka dị ka ndị rigoruru n'elu ugwu Evaresti. Ebe a anyị nọ ugbu a ndị takzi ha na-abịa ajụ m ebe m na-eje. M gwara ha na ọ dịghị takzi m na-achọ. Ka m na-aza nke a m na-elepụ anya ka hụ mgbe nwanne m nwaanyị na di ya ga-abịa izute m. Ọ dị mkpa icheta na mgbe m nọ na Lagos na m gara na N.E.T. gaa kpọọ ha oku na foonu mụ na ha ekwusịa. M gwakwara ha aha ụgbọ elu m ga-eji na-abịa na oge ọ ga-eji erute na New York. O teghị anya m hụ ụgbọ ala ha pụrụ iche nke ha maara m atụ ya nakụkọ. Ka m na-ele nwanne m nwaanyị apụtala ya na dị ya. Ha nọhụ na-ele anya n'aka nri na n'aka ekpe anya mụ na ha wee zu. Ha ripụrụ ọzọ bịa makụọ. N'otu ha si makụọ m a sị na erighị m ihe na plen ha gara ịkụ m isi n'ala. Obi ụtọ juru anyị obi. Ndị nọ ebe ahụ nọzi na-ele anyị. Atụfụghị m oge ịkọwaara ndị ahụ maara m mụ na ha so n'otu plen ahụ ndị bịara izute m. N'atụfụghị oge ọgọ m nwoke ebidola sewa m foto aghara aghara. Ebe m chewere ihu o see ebe m dowere aka o see. Ugbu a m hụrụ ha obi lọrọ m.

Ka ha na-ekelekwanụ ndị ọzọ m were oge ahụ na-elegharị anya. N'ebe a ndị lọtara na-anụ eche ndị ga-eburu ha ya na ebe ndị na-achọ ịla na-anọ eche ka oge ruwe ka ha jee gosi onwe ha, ala ya dị ka ihe e tere



mmanụ. Ọkụ nọ n'elu na akụkụ ya dị ọtụtụ. Ụlọ nta ebe a na-anọ akpọ mmadụ na foonu juru eju, foonu ụfọdụkwanụ dịsị ebe dị iche iche m jụrụ ha ebe ụlọ mpochi nọ ebe ahụ. Kama ha ịkpọ ya toileti bụ aha m ji mara ya, ha kpọrọ ya aha ha na-akpọ ya n'ala ha bụ America. Ha kpọrọ ya 'rest room'. M gara ịgwa onye ahụ na ọ dịghị ụlọ ebe a na-ezu ike m chọrọ mana mgbe m hụziri nwoke ha sere n'ọnụ ụzọ otu na nwaanyị ha sere n'ọnụ ụzọ nke ọzọ, m jiri obi mara na ebe ha gosiri m bụ ebe m na-achọ ije. Mgbe m bara ebe ahụ ihe mbụ tụrụ m n'anya bụ na m anụghị isi ọ bụla n'agbanyeghị ọtụtụ mmadụ na-esi ebe ahụ apụ na-abatakwa. Ka m mesịri agbaghere m pọmpụ mmiri dị n'ebe a na-akwọ aka. Otu pọmpụ bụ nke mmiri oku nke ọzọ abụrụ nke miri oyi. N'isi ebe pọmpụ ahụ dị akwụkwọ dị n'ime igwe ebe ahụ. Adọtụrụ m ya aka nweta oke akwụkwọ m chọrọ maka ihicha aka wee hichaa aka m tinyekwa ya ebe a na-atụnye ibe ya.

Oge m pụtaziri anyị ebuba akpa ukwu m n'moto seekwa foto ndị ọzọ Asịkwara m ndị enyi m niile ahụ ka e mesịa. Anyị wee chipu ịla New Haven ebe ọgọ m na nwanne m nwaanyị bi. Ka anyị hapụrụ ọdụ ụgbọ elu ahụ na-aga esi m na nyọpụta wee hụ ọtụtụ ụgbọ elu ndị ọzọ makpuru ebe ahụ. Ka m na-ele anya n'elu ahụkwara m ụgbọ elu ụfọdụ na-achọ izida na ndị na-achọ mfeli. M lepụzie anya m hụ otu ụlọ ọ dị ka ọ bụ ya kachi mma mgbe m na-elegharịala anya ọzọ m hụ ọzọ. Nke a hụrụ ọ dịka ọ bụ ya ka mma kara n'ịdị elu.

Anyị siri ebe ahụ wee gbaba n'ime nnukwu mpaghara obodo New York a na-akpọ Manhattan. Anyị gbabara n'ọdụ ndị shọpụ na-ere nri ndị Igbo. Anyị jere ebe ahụ zụrụ ololo mmanụ nri abụọ otu dọla atọ na mkpirisi. Ololo a ahaghị ogolo ka ololo nke anyị kama ọnụ ya sara mbara ma ihe na-anọ n'ime ya ka nke na-anọ n'ime nke a. Anyị zụrụkwara ogede (planten) na ayịya. Ha gosichara m ụdị nri dị iche iche bụ ndị anyị na-eri n'ala Igbo. Nwanne m ji m hụrụ ebe ahụ tara ahụ ma hịa onwe ya. Anyị azụghị ya. Ahụkwara m oju ha na eje ebe ahụ. Na otu ha si gbanye ya n'osisi nịa ya ịkpọ agụrụ ya agụghị m. Anyị zụkwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ wee chipụ ịlawa. Site na New York ruo na New Haven ebe m ga-anọ bụ ihe dị ka maịlụ iri asaa na isii. Anyị gbara n'okporo ụzọ ụdị ya m na-

ahụtụbeghị mbụ ya na briji dị iche iche wee gaa Brons wee kwụsị ọtụtụ ebe kwụọ tool tutu anyị eruo New Haven banye na yunivasitii Yale bụ otu n'ime nnukwu yunivasitii nwere agba a na-anụ aha ya n'ụwa. Ka anyị ruru anyị gbagawara n'ụlọ ebe obibi nke ụmụ akwụkwọ nke nọ na "Prospect Street" wee ruo na mgbala nke ha. Anyị niile ñụrịrị nnukwu oñụ. Mgbe anyị baruru anyị sekpuru ala wee kpee ekpere wee kelee Ọbasị dị n'elu otu o si wee duo mije m.

Otu ihe gbagwojuru m anya bụ na ka m na-abịa m kpọrọ shut na shut. Ka m ruru n'ihi okpomọkụ m hụrụ ndị ọ fọrọ ntakịrị ka ha gbara ọtọ ma ụmụ nwaanyị ma ụmụ nwoke ma ụmụaka ma agadi. Ọ dịghị onye nwere efe maka onye ọzọ ọ bụladị ihe onye ahụ yi. Ka anyị zurụchara ike ha butere m nri bute ihe dị ka gari ha mere. Mgbe m jụrụ ha ha sị na nke a bụ ihe a na-akpọ farina nke e ji potato mee. Ha sị na ndị ebe a (America) na-eme ya na-añụ ya otu anyị si añụ akamụ ma ha na-eme ya ka o sie ike ji ya mere gari ha. Erijuru m afọ nke ukwu ma mgbe m na-achọ mmiri oñụñụ ha jụrụ ihe m chọrọ ịñụ ma ọ bụ juns nke orange, ma ọ bụ nke appul. Ihe oñụñụ ndị a ka ha ji mere mmiri tinyere bịa na koke na ndị ọzọ. Ka o mesịrị nke a akụkọ egbu onwe ya. Ndị m bịara n'ụlọ ha na-akpọzịkwa foonu aghara aghara ịgwa ndị enyi ha na mụ abịaruola na ịgwa ndị nwere ozi si ụlọ na e mee ha bịa were.

M kwapụtasịrị ihe dị n'akpa m zichaa ha ozi ha. Anyị nọgịdeziri ruo ma ruru agaa ha ahapụzie m ije rahụ ụra n'akwa n'ime ụlọ ha kwadooro m. Ugbu a chi ejiela. M wee rahụ ụra.



*Nkem erute Ọdụ ugboelu J.F.K. Nwanne ya nwaanyị na-ezute ya. Ụgbọala ha dị n'aka nri.*



# 7 Ebe m gara

N'ije a m gara n'America. ala nne m na nna m na-eruteghị tutu lakwuru onye nwe ha. abịaghị m ya ka m bia chi foo m rio nri m fọnye aka n'ụkwụ na-elere sọ t.v. Abịaghịkwanụ m ya ka m bịa lere sọ anya naanị n'ebe m nọ. Abịara m ka m gagharịa n'ebe m na-anụ aha ha na ebe m ga-ahụ ihe akụkọ ka m nwee ike dee ha n'akwụkwọ ka ha bụrụla m echefughị echefu. Ọ bụkwa ka ndị ọzọ ndị ga-abịa ebe a mara, ka ndị na-agaghị enwekwanụ ike ịbịa gụrụ wee buru n'obi. 4/25

Ka chi foro mụ na ndị m nọ n'ụlọ ha kparịtara nkata ebe na ebe m chọrọ ịga. Anyị wee hazichaa ya 28/8/80. N'ụbọchị nke mbụ ha kpọọrọ m gazuo New Haven ịga legharịa anya ma hụkwa nnukwu shọpụ ga. Anyị weere foto ndị m segasịrị na Naijirịa wegara ndị ọ bụ ọrụ ha na-anata ndị mmadụ fiim na foto ha na-achọ ịsa ịsa wee ziga ya ebe ha ga-asa ha. Ha nyere m rizit m ga-eji anaghachi ya ụbọchị ha gwara m nke ha gbakwara na rizit ahụ. Anyị kpagharịchara ụbọchị nke esi ahụ agwụ. Otu a ka anyị megidere ụbọchị nile wee ruo ụbọchị m hapụrụ wee lọta. Na nje m gara ụkwụ m kpara na Steti ise n'ime steti iri ise e nwere n'U.S. Ya bụ n"United States of America". Steti ndị ahụ ụkwụ m zọrọ na ha bụ:

1. *Conecticut:*

   NNukwu Steti a ka ha na-akpọ "Construction State". Ọ bụ ebe a nọ wee mebe iwu na-achị ha. Ọ bụ na Steti a ka e nwere otu okpọka yunivasiti bụ Yale nke dị na New Haven.

2. *New York*

   Steti a bụ Steti a ma ama dị ka Steti "Skycraper" ya bụ ụlọ ndị ogo ha na-eru n'urukpu igwe karịa steti ndị ọzọ. Ọ bụkwa steti a ma ama maka ahịa niile nwere aha. Ụlọ dị na ya ebuka. Mmadụ bi n'ime ya ha ihe dị ka nde asaa na mkpirisi. A na-aga na striiti ya mmadụ na

ụgbọ ala a na-awụghari dị ka mgbe ndị na-akpa ike n'ịkụ bọọlụ n'Enugu bụ 'Enugu Rangers' gbachara bọọl ha na mba ọzọ e si na stadiọm na-apụta. Steti a mara mma bụrụ e jee U.S. ma e rụghị a mara na ọ fọrọ ụfọ. Esi m New Haven na Connecticut wee jee ya ugbọro asatọ tutu mụ alaa. Nke mbụ m si ya gafee gaa Connecticut mgbe m wụchara mbụ n'obodo U.S. Nke abụọ m si ya gafee gaa Washington. Nke atọ m si ya gafee gaa New Jersey. Nke ise anyị gara New York gaa dupu nwunye nwanne m nwoke onye nke buru ụzọ bịa ma burukwa m ụzọ laa. Nke isii anyị gara ya ga lee bọọlụ ha na-ewu ewu ha na-akpọ "bez bọọlụ". Anyị lere nke a na Yankee Stadiọm ha. Nke asaa m gara ya ga legharịa anya gaa na "World Trade Center," ụlọ "United Nations Organisation", Nke asatọ m gara ya gaa zụrụ ihe n'ụlọ ebe a na-ekwe ọnụ ahịa a na-agbagharịa. Nke itolu m siri ya laa.

A na-akpọ Steti a "First State", "Diamond State".

3. *Delaware:*

Nke a bụ steti mbụ n'ime steti iri na atọ ndị Bekee ndị si England biaruru mbụ n' America Site n'ebe a ha jizi site n'anya ukwu, igbu mmadụ, imegide mmadụ, ngarị na ime mpụ dị iche iche na aghụghọ niile wee gbagasịa na steti ndị ọzọ.

4. *Philadelphia*

Ha na-akpọ Steti a "State of Brotherly Love." Ọ bụ na steti a ka ndị America nọ wee nweta ike ọchịchị onwe ha wee gbahapụ ndị Inglish. Steti a bụbu isi obodo nke America.

5. *New Jersey:*

Aha ọzọ ha na-akpọ steti a bụ "Garden State" dị ka anyị na-akpọ Port Harcourt "Garden City" n'ihi mma ya na ka e si dozie obodo ya. New Jersey mara mma Ọtụtụ ụmụ ala anyị bụ Naijiria juru n'ime ya dị ka ha siri nọrọ na New York.

Ebe ụfọdụ m gara n'ime steti ndị a na ihe ndị m hụgasịrị bụ ndị a:

N'ime New York m gara ma hụ:



(a) "Yankee Stadium" nke bụ ebe m lere 'base ball' ha. M gara lee ụlọ nzụkọ ndị ụwa nile a na-akpọ

(b) United Nations Organisation na nkenke U.N.O.

(ch) World Trade Center (Twin Towers). Na Empire State Building. Na Washingtom D.C. m gara hụ ebe ndị a:

(d) Capitol

(e) Arlingtom memorial cemetary ma m garukwara n'ili John Fitzegerald Kennedy na nwanne ya John Kennedy.

(f) White House

(gb) Washington Memorial Monument na Jefferson Memorial

*Na Philadelphia agara m lụ ndị a:*

(gh) Pensylvanian University

(gw) Hiltonian Hotel

(h) Philadelphia Zoological gardens

*Na Connecticut m gara ma hụkwa*

(i) Yale University

(j) Southern Connecticut Yunivasitii (ebenwuyem gụtụrụ)

(k) Peabody museum

(l) New Haven airport

E wezụga ebe ndị a m gara na ihe ndị m hụrụ n'ime ha ihe ndị ọzọ dị be ha kwesiri ka a rụtụ ha aka bụ ihe ndị a:

okporo ụzọ
telefoonu
banki
ọkụ na mmiri
iso iwu
mri n'ụzọ na họtelu
shọpụ
ụgbọ ala (isa ha, imezi ha, ịzụta parts)
ụlọ (basement)
post ọfisi, telegram. Ndụ ha.

# 8 Nkọwa ihe m hụgasịrị Na "Yankee stadium na base ball"

Ụbọchị m gara ebe a bụ n'abalị ise n'ọnwa September 1980. Mụ na ọgọ nwoke na nwunye ya na enyi ha a na-akpọ Richard bụ onye Juu ha na ya bi na New York na-agụ akwụkwọ na Yale yi wee ga. Nwokorọbịa n'ihi otu ha na ọgọ m ha dị ha na-akpọzị ya Rikado. Tutu anyị agawa anyị kwubiri otu a ga-esi ga. O butere ụgbọ ala ya ma anyị gbanyere 'petrol', ya nwa kwa kụrụ ụgwọ tiketi.

Yankee stadium a dị na Bronṣ bụ otu mpaghara nnukwu obodo New York na-ewu ewu. Ọ dị maịlị iri asaa na isii site na New Haven ebe anyị bi. Oleekwanụ ihe anyị gbara okporo ha otu a ịga mee nke ka nke n'uchichi n'ini na anyị hapụrụ ihe dị ka elekere isii nke uchichi we gaba? Anyị gara ịga lee ihe a na-akpọ 'Base ball'. Nke a bụ ụdị bọọlụ ha na-akụ ebe ahụ na-ewuru ha ewuru otu ịkụ bọọlụ nke anyị mara ebe a (soccer) si ewuru anyị.

Ndị gbara 'base ball' ahụ bụ ndị a na-akpọ 'Carlifonian Angels na ndị New York Yankees". Ọ dị ka otu anyị si nwe 'Enugu Rangers' na Spartans' nke Owerri. Ndị kụrụ bọọlụ ahụ bụ ndị na-akụrụ ndị Carlifonia na ndị New York ndị na-aza aha ndị ahụ e ji mara ha. N'ikwu eziokwu ahụbeghị m ebe a kụrụ ndị bọọlụ ahụ ma ọ bụ egwuregwụ bọọlụ na-ewuru ndị Amerịka. Nke a mere mgbe e kwulitere ya wee na-ajụ m ebe a na-ajụ nwata agụrụ ji ma ọ ga-eri ihe, ekwebiri m isi na m ga-eje.

Anyị ruru ebe ahụ n'ọfọdụrụ ihe dị ka nkeji ise ka elekere asatọ nke uchichi kụọ. Ihe mbụ onye ruru ebe ahụ ga-ahụ ga-eju ya anya bụ ọnụọgụ ụgbọala nke ndị Ọcha na nke ndị ojii. Mmadụ dị ka aja. N'amaghị ihe m ga-ekwu ọnụ kpuchịri m n'ihi ọkụ dị iche iche na-enwu zaa zaa ebe nile.

Anyị bụ ụzọ nyaara ụgbọ ala anyị gaa nyaba n'ebe a na-edote ụgbọ ala nke dị nso n'otu ụlọ dị ihe dị ka ụkwụ iri na otu. N'ọnụ e si aba n'ụlọ



ahụ ha dere ya "Department of Correction". M jụrụ ha ihe nke ahụ pụtara ha sị m na ọ bụ ụlọ mkpọrọ ha. Ka m leliri anya elu m hụchatara ndị nọsị n'ọnụ ụlọ nke ha n'ọnụ ụlọ nke ha bụ ndị mkpọrọ ahụ. Anyị gafere ha ruzie n'ọnụ geeti nke ebe e dowere ndị mmadụ e dowere bụ ka ego anyị kwụrụ maka bọọlụ ahụ ha. Ka anyị baziri, nwanne m bịa lere. Ọkụ na-enwu ebe ahụ ka ọkụ niile m hụgoro mbụ nke mere na ọ bụrụ na mkpụrụ ose ọjị adaa n'ala n'ebe ahụ a ga-enwe ike ịtụụta ya.

Ka m jiri anya na obi m pịa, asịrị m na ọnụọgụ mmadụ nọ n'ime stadium ahụ oge ahụ ruru puku iri abụọ na iṣe. Oche nọ ebe anyị nọdụrụ nwesịrị nọmba. Ka anyị ruru o nwere ndị gara nọchie oche anyị ma ndị na-anabata mmadụ bịara lee anya na tiketi anyị wee jee lee ndị ahụ kpọlite sị ha jee ebe ọzọ anyị wee nọdụzịa ala. Oche m hụrụ ebe ahụ anyị nọdụkwaranụ dị ka ụdị oche nọbu "n'Alexandria Auditorium" na Nsukka tutu a lụọ ọgụ. Oche ya niile nọkwa n'ahịrị n'ahịrị na stepu stepu site n'ebe ala ruo n'elu. I lee anya n'aka nri, ị ga-ahụ bọọdụ ebe kọmpụta na-edepụta ihe na-eme n'egwuregwu bọọlụ ahụ. Ọ na-egosị elekere, na-egosị otu okpo ọkụ ma ọ bụ oyi na ka e si enye goolu. Ọ na-akụkwa egwu na-emekwa ka ndị mmadụ na-achị ọchị na-akụ aka na-agụ egwu.

E bidoro bọọlụ ahụ ka nkeji asatọ gara elekere asatọ. Tutu e bido ha bụru ụzọ kụọ "National Anthem" America. Mgbe a na-akụ ya onye ọ bụla ma ndị na-achọ ịgba bọọlụ ma ndị bịara ile anya kwụụrụ ekeresi. I lezie anya ndị ahụ na-achọ ịgba bọọlụ adị ka ihe a tụrụ atụ. Ka a na-akụbi ya bụ egwu ụzụ atụọ n'elu tụọ n'ala. Egwu bọọlụ wee bido. Ọ bụ enyi anyị a na-akọrọ anyị ka e si agba ya na ndị na-emeri. A kụkata egwu ha ahịọ.

Tụtụrị tụrị – ya adaa Lee:

Na ndị ahụ na-akụ o nwere nwoke a sị na o so na ndị na-agụ egọ ha na nde na nde (Millionaire) na-eso ha akụ. Aha ya bụ Reggie Jackson. Ya pụta ịkụ uzu na-atụ tụọ tufee ofe, dị ka ebe Ọkala ma ọ bụ Christian Chukwu ndị Rangers kpara ụkwụ na fildu. Ụzụ na-ada mgbe ọ bụla ọ pụtara bụ nke nwaanyị nwanne m nwoke sị na ọ na-ebute ihe a na-akpọ 'titimus'.

Ka boolụ a na-aga n'ihu ụdị ihe a na-ahụ na 'Liberty stadium' na Enugu, na Owerri na-aga n'ihu. Nke a bụ ndị na-ere ihe dị iche iche. Ha na-ebu ha na-agaghari na-etipụta aha ihe ha na-ere dị ka 'ice cream, hot dog, peanuts, beer, soft drinks, cigarettes, na ihe ndị ọzọ. E nwekwara ndị na-ere akwụkwọ magazim dị iche iche, ụfọdụ na-erekwa foto ndị ahụ na-akụ ya bụ 'base ball' ndị na-ere ihe onyinye dị iche iche. Ndị na-ere ihe ụfọdụ bụ ndị nwoke ndị bụ ndị nwaanyị. Onye a kpọrọ o bute nke o bu zụnye onye chọrọ. O nwere otu nke anyị zụtara. Nke ahụ na-ada ka Mgbadụga. Atabiri m ya dị ka ibe ma ọ tọghị ụtọ, ọ kụghị ilu. M jizi nwayọọ kpara ya n'aka. Achọghị m iji anya ihere loo agụba.

Ejidekatara m a ruo mgbe onye na-ere 'hot dog' bịara mụ azụrụ nke ha ma tụnyere nke ọzọ ka ọ tụfuola.'Hot dog' a tọrọ m ụtọ n'ihi na ọ bụ bread akalaka e tinyere 'sausage roll' n'ime ya. Atara m nke a ṅụọ kooku wee werezie anya m na-agbara onwe m ekeresimesi na boolụ ahụ 'Base ball' a na-agba dị iche na 'soccer' nke anyị na-akpọ futuboolụ nke anyị na-agbakarị n'ala anyị a na-ewuru anyị ewuru. Otu boolụ nke anyị dị ha ka "base ball" dị ndị America. A na-eji osisi n'aka akụ ya. Otu onye na-anọdụ n'otu ebe na-atụ ya. N'ebe ọ na-atụga ya o nwere onye ji osisi che ka ọ kụta boolụ ahụ ma kụfuo ya ebe tere aka. A gafee onye a ji osisi che e nwere onye na-aghọta boolụ ahụ. Onye ahụ nwere okpu igwe o ji kpuchie anya ya na ihu ya. O nwekwara ngwangwa ihe o yi n'eze obi ya ka boolụ ahụ ghara itụju ya obi. O nwere ihe ha niile gba n'aka a ga-asị na ọ bụ glọvụ ha na-eji aghọta boolụ ahụ ọ dị ka ebe eletrik dọtara ihe n'enyeghị onwe ya nsogbu.

Boolụ a malịtere n'afọ 1845 na New York mgbe e nwere ndị klọbụ mbụ na-akụ ya. Ndị na-akụ ya na-adị itolu itolu ya bụ "catcher, pitcher, first, second, third basemen, right, centre left fielders, shortstop" Ọ na-abụ ndị mbụ kụọ ha enye ndị nke ọzọ efe ha akụọkwanụ ruo na "inning" nke itolu.

Ọ bụrụ na a tụọ boolụ onye a ji osisi kụta ya ọ na-akụsi ya ike ka ọ gafuo agafuo ka o nwere ike sị na ngwuru ebe ọ nọ gbajee n'ọzọ ma ọ bụ gbaghachi. Ihe a ka ha na-akpọ "run". Onye kụta nke mere ka ndị



"ụlọ" ha nweta "home run" a na-anapụ ya aka na o meka.

Otu mkpụrụ boolụ ha ahụ na-ada ihe dị ka dọla atọ na nkeji, ya bụ ihe dị ka naịra abụọ anyị. A tụọ ya a kụta ya ma ọ hapụ ịdanye na fildu ebe a chọrọ ya ndị na-akụ ya ga-aghọta ya ma daa ndị mmadụ nọ, onye tụta ya ọ bụrụla ihe onyinye onye ahụ. Nke a mere ka ọ dị otu a ndị mmadụ na-amali elu na-abụ ya iji ghọta ya ma nwee ya dị ka ihe onyinye. Ị hụ ihe na-eme oge a ọ na-adị ka mgbe a na-akụ boolụ dị aṅaa n'Enugu a chịta ụmụ nnụnụ pijin ghalie ha elu ahịa ha esuru ụmụ mmadụ.

Ka a na-akụ boolụ a, a kụkata ihe dị ka redio ha na-ekwu okwu na-akụ egwu agụnyė egwu dị ka nke a d s *lt* d s *lt d d d d* d :

Mgbe nke a malitere ndị mmadụ esoro ya na-eti na-akụ aka ebe niile ana-azụ.

Ndị na-atụ atụ a na-akpọ ha 'pitchers'. Ndị na-atụ nke ọma n'ime ha bọọl ha na-aga ka amụma na-aga ihe dị ka maịlụ iri itoli na ise ruo na maịlụ narị n'otu awa onye na-akụ bụ batter, onye na-ejide catcher. E nwekwara ndị 'umpire' ya bụ ndị refrii. A kụta otu boolụ mara mma ndị na-akwado ndị ahụ ebido tụwa ụzụ, kwowe, nụrịwa, tuwe ugo, gbawa egwu, kụwa aka. Ndị na-efe 'flag' ha zụtara maka maachị ahụ a na-efe. Egwu na-ahịọ mkpọtụ na-adịkwa.

Ka a kụsịrị ya bụ boolụ ndị "New York Yankee" meriri ndị "Carlifonian Angels". Ha habu otu ma ka o ruru "inning" nke itolu odogwu ndị Yankees bụ Reggie Jackson bụ ihe ha na-akpọ "runking" akụọ nke ọ kụrụ wee kụfuo boolụ ebe o tere aka karịsịa ndị Yankees wee merizie. Otu a ka goolu si wee dị

| | R | H | E |
|---|---|---|---|
| New York Yankees | 6 | 10 | 1 |
| Carlifonia Angels | 5 | 8 | 2 |

R bụ runs (mgbapụ ọzọ)
H bụ hits (nkụta bọọl)
E bụ Errors (nkụhie)

Ka oge ruwere e ji wee kusịa ndị mmadụ bidoro gbuwe mkpọrọhịhị ijı wee gosị na oge ezuwele. Otu a ka ha megidere ruo na wịslụ nke ikpe azụ egbuo oke ụzụ wee dị.

Tutu e mechie, kọmputa egosilarị na mmadụ bịara ya bụ bọọlụ nọ n'ime, ọgba egwu ahụ bụ (30, 109). Nke a bu. Puku mmadụ iri atọ, otu narị na mmadụ itolu. Ma ha kwụkwara na ọgba egwu ahụ ju eju na mmadụ na-anọ n'ime ya bụ puku iri isii (60,000). Ọkụ na-enwu n'ime ya ma ndị na-enwuli elu ma ndị na-enwuda ala mere ka a tụpụ ose ọjị n'ala n'uchichi a hụ ya tụụta ya. Ma nke kacha dị m ụtọ bụ egwu a na-akụ na mgbe na mgbe ma egwuruegwu bọọlụ na-aga.

Ka a kụchara bọọlụ a ihe dị tim tim iri atọ gara n'elu elekere iri na otu na ọkara nke abalị, ndị dị mmee mmee, ndị agụrị isi ha toro ogologo. ndị nke ha tụjara atụja, ndị yi uwe dị iche iche esi n'ọnụ ụzọ niile na-apụta dị ka ebe ijere tinyere isi a chụọ ha, ha esisịa n'ụzọ ọzọ na-aba ririri na-agafe.

Mgbe anyị pụtara n'ezi agara m zụrụ ọtụtụ ihe ihe e ji echeta ihe ha na-ere dị ka bọọlụ "base ball", "flag" na foto dị iche. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka ebe a na ndị U.S. a nwere ụzọ di iche iche ha ji anata ndị mmadụ ego na-arịoghị arịrịọ. Ha na-enwe ọmarịcha ihe ha na-edowe maka ndị ọbịa ga-atụ onye ọbịa ọ bụla akpịrị tụkọm ọ zụrụ ihe ndị ahụ.

Ugbu a o ruola n'ụla. Echefula na site na New York ruo na New Haven (connecticut) dị ihe dị ka iri maịlị asaa na isii. Anyị garubere ije ebe ụgbọ ala anyị jiri bịa nọ. Ka anyị na-eje, ọ nwere otu ụlọ ukwu dị n'akụkụ ebe ahụ nke ogoya ha ihe dị ka ụlọ iri na otu n'elu.

Ihe e dere na-egosi ihe ụlọ ahụ bụ, bụ "Department of Correction". Ka m jụrụ ha sị m na ọ bụ ụlọ mkpọrọ ha (kọnpita). Ka anyị na-agafe ụlọ ụfọdụ ndị n'ụlọ ahụ na-asakwa ha site n'ịkpọkwara ha "Jail Bird". Okwu a bụ "jail bird" bụ ihe a na-akpọ onye jekatarala mkpọrọ ọ dịkwaghị ya ka ihe.

Ahụrụ m na ụlọ mkpọrọ ha adịghị ka nke anyị. Ụlọ mkpọrọ ha ńwechara ntụoyi n'ime ha.



Ụlọ mkpọrọ ha dị ka aha ya si wee dị bụ maka ime ka onye mere ihe ọjọọ wee cheghарịa. Ma ha na-echeghari, nke a bụ ihe na-esi n'eke ụfọdụ na-echeghari. Ụfọdụ nwekwara isi na nke ahụ karịa njọ.

Anyị gafere ụlọ ha wee jee n'ebe ụgbọ ala anyị ji wee bịa nọ wee kwọrọ laa. Anyị larụrụ ihe dị ka elekere abụọ nke ụtụtụ. 5/3-1

# 9 Ụlọ United Nations Organization (UNO)

Nke pụtara United Nations Organization. Ka ọgụ ụwa nke abụọ bichara ka a malitere otu ụwa dum nke ndị mba niile nwere onwe ha nọ n'ime ya. Ọ bụ prezident ndị America a na-akpọ F.D. Roosevalt malitere ya na Jenuwari 1, 1942 mgbe iri obodo abụọ na isii jikọtara onwe ha ịlụpụcha ya bụ ọgụ. E mesịa n'afọ 1945 ka ọnwa Junu 26 a mụọ ya bụ otu. Ma n'Oktoba 24, 1945 ka ya bụ otu ụwa kwarala kpọmkwem.

Ihe e ji we hibe ya bụ otu bụ maka ịkwụsị agha na ime udo n'ụwa niile ya ha ijikọta ọnụ maka ọdịmma na ọganihu mba niile na ime ka ndị na-enwerebeghị onwe ha nwere onwe ha. Ha na-agbakwa mbọ inyere ndị otu ha aka n'agbababghị ha n'ime ịma ka ha si biri na ịmanye aka n'ime ihe obodo na-agbasaghị ha.

Ihe dị ka n'afọ 1965 mba nọ na ya dị otu narị na iri na anọ. N'afọ a bụ afọ otu puku narị itolu na iri asatọ ọnụ ọgụ obodo nọ ya adịla ihe dị ka otu narị na iri ise na atọ.

Isi ọrụ otu ụwa niile a dị na New York. Ụlọ ọrụ ha ebe ahụ dịnọọ n'ime isi obodo New York bụ Manhattan n'ebe mmadụ na-erugharị dị ka aja. Mmadụ bi n'ime New York karịrị nde asaa. Ọ bụkwa n'isi obodo a ka e nwere ụlọ ndị kwọ ibe ha n'elu hiri nne.

A na-ele ụlọ ha a anya, ọ dị ebube. Ebe e wuru ụlọ a bụ n'akụkụ mmiri "East River" dị n'ime New York. Ebe e wuru ya karịrị eka iri na asatọ. Ọ bụ ọkachamara ndị ise ihe osise na ịrụ ụlọ sitere na mba iri dị iche iche rụrụ ụlọ a. Elu ya dị ukwu ụlọ iri atọ na itolu. A malitere ịrụ ya n'afọ 1947 ma rụchaa ya n'afọ 1952. Ọ bụ ego afọ ofufu nke John D. Rochefeller nke nta nyere bụ (₦8.5 million) nde dọla asatọ na mkpirisi mere ka a malite ya. Ma ọ bụ ego mgbazite nke na-enweghị ọmụrụ nwa



n'elu ya bụ nde dọla iri isii na nde ise nke ndị U.S. nyere mere ka a rụchaa ya.

A malitere kwụghachibe ego a nke ndị U.S. nyere n'afọ 1951 ma a ga-akwụcha ya n'afọ 1982.

A na-abata n'ebe ụlọ a dị a ga-ahụ ihe e dere na nnukwu mgba aja dị n'aka ekpe ya machere ya bụ ụlọ ihu. Ihe e dere ya si n'akwụkwọ Nsọ (Isaiah 2[4]) nke bụ

Ya bụ ụlọ dị n'ụzọ anọ nke bụ ụlọ nzụkọ a, ụlọ ndị ọrụ ya, ụlọ ebe mkparịta ụka (conference hall) nke nọkarị nsọ "East River" na ụlọ ebe mgbazite akwụkwọ (ọba akwụkwọ) nke a na-akpọ "Dag Hammarskjold Library".

N'aka nri n'ihu ụlọ a nke "General Assembly" a ga-ahụ "flag" obodo ụwa niile ndị nọ n'otu ụwa a bụ U.N.O. Ile ha anya bụ mmadụ ịhụ ihe mara mma n'ihi na e nwere kọlọ ọ bụla n'ime ha. Flag nke Naịjirịa bụ ọcha na akwụkwọ ndụ sokwa ibe ya nọrọ na-efegharịa dị ka ọ na-efere onye si ala anyị bịa aka pụrụ iche.

Mgbo Ọnụ ụzọ e si aba n'ụlọ ukwu ahụ dị asaa nke e ji 'nickel na bronze' me bụ onyinye ndị obodo Canada nyere. Dị ka panel mgbo ndị ahụ jị dị anọ ha na-egosị udo, ikpe ziri ezi, eziokwu na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.


N'aka ekpe ụlọ ahụ e nwere fildu nọ na ya. Ahịhịa dị na ya dị ka abụbara isi onye baba kpachara nke ọma dịkwa ka e ji ire rachaa ya. E nwekwara pọmpụ mmiri e meziri nke ọma nke mmiri ya na-agbali elu na-awụdata.

Ka m na-aba n'ime ụlọ a, ọtụtụ ndị mmadụ ndị ọzọ na-acha ọcha ụdị, ọ bụla sokwa na-aba n'ime ụlọ ahụ dị ka ụbọchị ndị Ọgbakụ na-emepe ụlọ mbarị ha n'oge ochie.

Tutu onye ọ bụla chọrọ ịhụchata ihe dị n'ụlọ ahụ enwee ike, ọ ga-agbara tiketi. Ụbọchị ahụ bụ ụbọchị iri na otu n'ime ọnwa Septemba eso m na ndị kwụrụ ụgwọ so na tọọ (tour) nke iri abụọ na ise. Ọ na-abụ ndị zuo ihe dị ka iri abụọ kwụrụla ụgwọ a kpọnye ha onye ndụ. N'otu nke m, anyị

dị ihe dị ka iri mmadụ abụọ na anọ ma e tinye ụmụaka abụọ. Onye ndu ha nyere anyị bụ otu nwata nwa agbọghọ dị ntakịrị aha ya bụ Mill Killstrong. Ọ bụ nwa agbọghọ a zụrụ azụ maka ụdị ọrụ ahụ. Ka ọ na-erute ebe anyị nọ, ọ sụwalarị frịfrị frịfrị. Naanị m n'ime otu a bụ sọ onye isi ojii. Ndị ọzọ bụzị ndị si Asia, India na ala ndị ọcha dịcha iche iche. Ka nwa agbọghọ a kpọliri anyị ọ gara gosị anyị modelụ U.N.O. ya bụ ebe a kpụrụ U.N.O. iji gosị mmadụ ozugbo otu ya bụ ụlọ ọrụ si wee dị.

E lee anya n'ihe osise a a ga-ahụ otu U.N.O. si wee dị. Ọ kere ụzọ isii. Nke mbụ bụ ebe otu ụwa na na-eme nzụkọ ozuzuọha.




Nke abụọ bụ kaụnsụl ndị na-ahụ maka nchegide. Nke atọ bụ kaụnsụl ndị na-elekọta obodo ndị dị n'aka U.N.O. n'akwụrụebeghị n'onwe ha. Nke anọ bụ kaụnsụl ndị na-ahụ maka akụ na ụba na ọganihu ndị mba niile. Nke ise bụ ụlọ ọrụ ndị ode akwụkwọ otu ahụ, kaụnsụl niile a dị n'ụlọ otu ụwa ahụ. Alaka ya bụ nke isii a na-akpọ ụlọ ikpe nke ndị ọka ikpe iri na ise na-adị n'ime ya anọghị na New York. Nke ahụ dị na Hague dị na Netherlands. Nigeria nweburu otu onye ọka ikpe onye Igbo n'ụlọ ikpe ụwa ahụ Aha onye ahụ bụ Daddy Onyeama bụ onye Ngwo Udi dị Enugu nso.



N'ala ya ebe anyị si galie o nwere ihe a na-akpọ "pendulum" nke bụ ihe dị ka bọọlụ a manyere eriri na-efegharị n'elu otu igwe e tinyere nke dị na step ebe e si arịigo ụlọ ahụ ma onye ahụ chọrọ ịzọ ije.

Ebe mbụ anyị gara bụ n' ọnụ ụlọ nke "General Assembly Hall" bụ ebe ndị otu ụwa a na-anọ nzụkọ ozuzu ọnụ nke mba ndị niile nọ n'otu nwere ndị na-anọchite anya ha. N'ime ya e nwere oche ndị n'ọcha n'usoro n'usoro nọrọ na step na step site n'ala ala gbagolite elu. N'ala ala ya ka isi oche ya nọ bụ ebe onye isi oche na ode akwụkwọ na-anọ. A gachaa nke ahụ ya bụ oche dị narị isii na iri abụọ na isii n'ọnụọgụ bụ ebe ndị na-anọchite mba ụwa niile nọ n'ime otu a na-anọdụ. E nwekwara oche dị narị abụọ na iri asaa maka ndị na-ele ihe a na-eme, nwee oche narị abụọ iri atọ na anọ maka ndị redio na t.v. na ndị na-ebipụta akwụkwọ dị iche iche na oche dị narị asatọ maka ndị ọbịa. Ya bụ a gụkọta oche niile ọnụ ha dị otu puku narị itolu na iri atọ (1930). Ihe ndị e sere ese n'ahụ aja ime ụlọ ahụ bụ aka ọrụ onye ihe osise na nka nke onye 'France' a na-akpọ (Fernand Leger).

Oche dị n'ime ebe a sị na ha mara mma, a kọwaghị nke ọma otu ha dị. Ha dị piarịị ma a nọdụ ọdụ na ha. Ha nwere ihe a na-akpọ 'ear phone' dịcha na ha nke ọ bụ na onye nọdụ were ndị nke nọ n'oche ya tinye na ntị ọ na-anụ ihe a na-ekwu na nzụkọ ahụ. Ha na-eme nzụkọ, ha na-ekwu a na-atụgharị ihe ha na-ekwu a na-anụ ihe ahụ n'asụsụ ise dị iche otu mgbe. Asụsụ ndị ahụ bụ English, French, Spanish, Russian na Chinese. Ọ bụ ihe ịtụnanya ma ọ bụ ihe na-eme eme. Kama kwa ọ wutere m na ụbọchị ahụ m gara ha anọghị na nzụkọ.

Ọ dị mima ịrụtụkwa aka na ọ bụ mba ndị nwe ndị na-anọchite anya ha na nzụkọ otu ụwa niile ahụ na-akwụkwa ha ụgwọ ọrụ. Anyị bakwara na ime oti ndị 'Security Council' baa na nke ndị 'Economic and Social Council" na nke ndị 'Trusteeship Council'. Ha niile yiri ma oche nke nọ na 'General Assembly Hall' kasị. Ime ụlọ ọ bụla nwekwanụrụ obodo dị iche ji aka ha chọọ chemba ahụ mma ma ọ bụ tinye oche nọ na ya ma e wepụga nke 'Security Council'. 6/13/02

Na 'Secretariat' ha, ndị niile na-arụrụ ha ọrụ n'ụwa niile dị puku iri

abụọ na abụọ. N'ime ọnụọgụ a puku isii na-arụ na New York sọọsọ. Ndị a bụ ndị ọrụ otu ụwa a. Ọ bụghị gọmenti ha na-akwụ ha ụgwọ kama otu ukwu a na-akwụ ha ụgwọ site n'ego mba niile dị n'otu a na-akwụta n'ụgwọ. Onye isi ndị ọrụ a bụ onye a na-akpọ 'Secretary General' onye ọrụ ya na-abụ afọ ise afọ ise. Onye jị ọkwa ahụ bụ onye a na-akpọ Kurt Waldeim onye Austria.

E nwekwara ebe a na-anọ ekpe ekpere a na-akpọ 'meditation room.' N'ihi na ndị nwere okwukwe dị iche iche na-ezukọ ebe ahụ e dowere otu ọnụ ụlọ ukwu maka ikpe ekpere ma ọ bụ ịnọ jụụ. E wepụtara ya maka udo ya na maka ndị na-arụ ọrụ ebe ahụ. Ịchọ mma nọ ebe ahụ na igwe e tinyere n'ime ya bụ ọrụ aka otu onye ọrụ nka nke Sweden. E nwekwara ụlọ ebe a na-agbazite ma na-agụkwa akwụkwọ nke a na-akpọ 'The Dag Hammarskjold Library'. E jị aha otu onye ode akwụkwọ otu a nwụrụ n'ihe ọghọm nke ụgbọ elu ebe ọ na-achọ udo nke mba na mba gụọ aha a.

Ọ dị mkpa ịrụtụ aka maka 'Security Council'. Ọ na-adị mba iri otu ndị ndị nke ha na-anọ n'ime kaụnsụl ahụ na-eme nzụkọ. Ise n'ime ha na-anọ ya oge niile. Isii ndị nke ọzọ na-enwe mgbanwe. Ha nọ maka ime udo ma ọ bụ ọgụ ma ọ bụ igbochi ọdachi ọ bụla. Mba ise ahụ ndị nọ ya oge niile bụ England, France, Soviet Union, United States of America na China. Mba ise ndị a nwere ihe pụrụ iche a na-akpọ 'Veto power'. Ọ bụrụ na n'ime nzụkọ ahụ mba iri n'ime iri na otu ahụ ekwete ma otu obodo n'ime ise ndị a ajụ, a gaghị anwa anwa eme ihe ahụ. Ikikere ha nke a bụ inwe ike a na-akpọ veto. Ka anyị nọ na Chemba ha ka m gbapụrụ akụ ndị otu anyị mbụ wee jụọ nwaanyị ahụ na-edu anyị ihe a ga-eme ma ihe dị otu a mee. Ọ zara sị na ọ dịghị ihe e nwere ike mee na-abụghị ka a rịọwa ndị ahụ arịrịọ ruo mgbe ha kwetere ma ọ bụ e chefuo ya bụ ihe echefuo. Ike mba! Ihe o ji dị otu a bụkwanụ na ha na-akwụnyụcha mba ndị ọzọ n'ụgwọ a na-akwụ n'otu ahụ.

N'igasị njem ndụgharị nọ n'ime ụlọ U.N.O. na-ewe otu awa na ngagharị n'otu n'otu na-ebido na nkeji iri na ise otu otu malitere ibe ya eso ya. Ego a na-akwụkwanụ n'ije ndụgharị a bụ dọla abụọ na ọkara



maka ndị tozuru etozu na mmadụ. Ụmụ akwụkwọ nọ n'ụlọ akwụkwọ ukwa akwụọ otu dọla na ọkara ebe ndị nke nọ na kọleji na-akwụ otu dọla, ụmụaka akwụọkwa otu dọla

Ka anyị gasịrị ebe niile ahụ ka ọ na-eme otu awa ahụ ha kwọrọ anyị awụdata, nwaanyị ahụ ekelee anyị anyị ekelegwụrụ ya, ya efesiela anyị bayị bayị ma hapụ anyị.

Mgbe a hapụsịrị anyị ejisịrị m ike gbaba n'ụlọ shọpụ akwụkwọ ha ebe ha na-ere ihe mmadụ nwere ike iji cheta ije ahụ ma jikwa ha enye onyinye. Ka m bara ebe ahụ ahụrụ m ndị nnukwu mmadụ ndị ala anyị nọ ebe ahụ na-elegharịkwa anya. Ọ bụ otu onye a na-akpọ Maazị Ngam Nwachukwu bụ onye Igbo anyị na-arụ ọrụ n'ụlọ ha du ha. Ndị ahụ bụ ndị a ma ama. Otu bụ onye eze ndị Ọnịcha onye nke ọzọ bụ onye nwe Bolingo. Mụ na ha kelekwara ekele nke oke obi ọma m wee kelee ha ka ha si wee bịa ịbịa ịgbanwotu ihe anya na-ahụ dị na mba. Ha mesịrị wee pụọ mụ nwa wee zụrụ ma foto, flagị, akwụkwọ, tamometa na ihe ndị ọzọ m ga-eji gosikwanụ na mụ ruru ebe ahụ na nje m a. Emeziri m ọsọ ọsọ wee gbapụta n'ihi na ọgọ nwoke mụ na ya so na nwanne m nwaanyị nọ n'ụgbọ ala ha apụtaghị apụtaghị n'ihi e nweghị oghere ebe a ga-adọba ya bụ ụgbọ ala ka ndị uwe ojii ha ghara ịbịa dọkpụrụ ya. Otu ihe tọrọ m ụtọ ebe a bụ na site n'elu ruo n'ala ụlọ a ọ bụ eziokwu na ọ bụ ụlọ mba ụwa nile gbakọrọ aka nwere ma imirikiti mmadụ anabịa ya kwa nkeji kwa awa kwa ụbọchị ma o nweghị ebe a ga-asị na ebe a ya adịghị ọcha. Ebe niile na-egbukepụ egbukepụ ọ bụnadị na mmadụ na-agagharị na ya dị ka aja. Ya bụ ụlọ kwesịrị ịbụ isi obodo ụwa niile ma bụrụkwa ebe onye ọ bụla nwere ike ịpụ apụ ga-agba mbọ garuo ebe ọ dị wee je hụ ya.

# 10 World Trade Center

Mgbe m gachara ụlọ ndị ụwa a na-akpọ U.N.O., ụlọ ọzọ tụrụ akpịrị m siri ọnwụ na m ga-aga hụchachaa ya bụ ụlọ ukwu abụọ dị ka ụmụ ejima. Aha ha bụ 'World Trade Center'. Ya bụ ụlọ ahịa ndị ụwa. Ụlọ abụọ ndị a ha ịha. Otu bụ 'World Trade Center' I (nke mbụ) nke ọzọ bụ World Trade Center II (nke abụọ). Ụlọ 'World Trade Center' bụ ụlọ kacha dị elu na New York. Nke a na-akpọ 'empire State Building' abụrụ nke abụọ, ya bụ nke na-esota 'World Trade Center' n'elu.

Ebe Empire State Building nke dị nso Pace na Yunivasitii nke N.Y. dị ukwu ma ọ bụ okpukpo ụlọ otu narị na atọ. 'World Trade Center' dị otu ukwu narị na iri n'elu ya.

Ụlọ kacha elu n'ụwa niile bụ ụlọ nọ na Sears n'ime Chicago n'US mana ihe bụ ihe aka rụrụ kachasị elu n'ụwa niile bụ otu tawa a na-akpọ 'Canadian National Tower' nke dị na Canada n'elu U.S. 'World Trade Center' a nọ n'ebe okporo ụzọ abụọ a ma ama chegidere ya. Okporo ụzọ ndị ahụ bụ 'Church Street na 'Fulton Street'. O nwekwara okporo ụzọ ọzọ si ya n'akụkụ gaa, ya bụ 'Vesey Street'. O nwekwara ihe a na-akpọ 'Church yard' ma ọ bụ 'burial ground' ya bụ ebe a na-eli ozu nke nọ otu ụlọ ụka ha a na-akpọ 'St. Paul's Church.'

Ala ebe ụlọ 'ụmụ ejima a' kwụ e ji siment techaa ya. Ala ebe ahụ karịkwaranụ otu ala ma ọ bụ abụọ ebe a na-egwu egwuregwu futu bọọlụ. A nọdụ n'ala na-ele ụlọ abụọ ahụ anya, e lezighị anya o nwere ike ime onye ahụ ọ daa ebube.

Ịgaba n'otu ụlọ ndị a adịghị ofere a na-agbarala ya tiketi. Ndị tozuru etozu na-akwụ dọla abụọ na senti iri abụọ na ise $2.25. Ụmụ kọleji ukwu na yunivasitii na-akwụ otu dọla na senti iri abụọ na ise. Onye kwụọ ụgwọ



nke ya ọ nọdụ n'ahịrị chere oge nke ya ma nwee nchekwube na ya gaeso gaa njem n'ụlọ elu elu ahụ. Ka mmadụ si awụgharị ebe ahụ dị ka ebe ọgbọ ahụ na-efegharị na-ekwo ekwu. Ndị ụfọdụ na-arịda, ụfọdụ a naarịgo, ndị a na-aga aka ekpe, ndị ọzọ ana-aga aka nri, azụ na ihu. Bịa lere.

Ka anyị kwụsịrị ụgwọ (nuuru anyị) esoro n'ahịrị banye ni eskeletọ. Eskeletọ a bụ step elektrik na-adọkpụ. Ọ dọkpụrụ ya, ọ dọkpụrụ ndị niile nọ n'elu ya na-arigo. Ọ bụ ka ike ghara ịgwụ ndị ga-arị ya ọsọ ọsọ dị ka anyị si arigo ọtụtụ ụlọ elu n'ala anyị ugbu a. Anyị sitere n'eskeletọ iri mmadụ abụọ otu oge. Ka anyị banyesịrị nke a ha emechie ụzọ ya. Nke anyị nọzị n'ime ya ugbu a bụ nke a na-akpọ 'lift' n'okwu Bekee ma ha na-akpọ ya elevatọ n'olu be ha.

A gwara anyị na elevatọ ga-adọkpụrụ anyị dọlite anyị elu dị ka moto na-agba maịlị iri abụọ n'otu awa (20 mph) na ọ ga-eji tịm tịm iri ise na asatọ wee dọruo anyị n'ọnụ ụlọ nke otu narị na asaa dị n'elu. Ka ọ naekwusi nke a anyị agamielarị n'elu e wee wụsa anyị ụkwụ n'ụlọ nke narı na asaa.

Okpukpo ma ọ bụ ukwu ụlọ niile anyị gafere bụcha mmadụ mmadụ ụlọ ahịa na ndị na-azụ ahịa na ndị na-arụgasị ọrụ dị iche iche. Otu aka ahụ ka ndị ngaghari na ndị na-azụ ahịa dị iche iche ma ndị gbanwere gbanwere ahịa goldu na aha ndị ọzọ jị jụ. Mmadụ niile ụlọ ahụ na-erute bụ ndị ọrụ na ndị ahịa ndị na-arụ ebe ahụ dị puku narị ise. Nke a bụ iji gosị otu ụlọ ahụ ha n'ibu, na mbara na ogologo ya. Ka anyị ritụrụ n'ukwu nke otu narị na asaa anyị ejirikwa, eskeletọ rịa ruo n'elu ọnụ ụlọ nke ikpe azụ bụ nke otu narị na iri.

Onye ruru ebe ahụ ga-asị na ya eruola etiti igwe na ala aka eru n'elu ụkwụ eru n'ala. A sị ma ọ bụghị nnukwu igwe igwe e ji rụọ ụlọ ahụ a gaara ịsị na sọ ikuku na-eku ebe ahụ nwere ike imetụ ya aka. A sị f inọrọ ebe ahụ lepụ anya na-atu ụjọ n'onye oke egwu na-ejide, ọ na-ebu isi! Ka anyị nọzị n'elu ụwa a na-elepụ anya ọ dịzie ka ọ dịghị onye ọzọ ma ọ bụ ihe ọzọ ka nọrọ n'elu. Ma ka anyị na-eme ụgbọ elu dị iche iche a naefekwa nke ha. Ma site n'ebe anyị nọ ugbu a ọ dịzi ka anyị nwere ike ịkpa ha aka.

6/27

N'elu ebe ahụ ha tinyekwara ihe ọzọ na-eri ego ma bụrụkwa ihe nlepụrụ anya. Ihe ahụ bụ teliskopu. E tinye senti iri abụọ na ise bụ otu ụzọ n'ime ụzọ anọ e kere otu dọla, e lezie anya n'ime ya a ga na-ahụ ihe niile dị na New York ruo maịlị iri abụọ n'ụzọ ọ bụla e lere anya. Ka m kwụrụ ụgwọ a lepụ anya ahụrụ m ụlọ niile e nwere ike ịhụ ruo maịlị iri abụọ ahụ ma ha bịaziri dị ka ha nọ nso nso. Elegidere m ọ m lee n'aka nri, m lee n'aka ekpe, m lee n'azụ m, m lee n'ihu. Ma ka m legidere o ruo otu oge ọ dịkwaghị ihe ọ bụla m na-ahụ. M gwara ndị mụ na ha so na ọ dịghịkwa ihe m na-ahụ. Ha sịrị m na ego ahụ mụ tinyere na oge ya agwụla. Ebe o richara ego a m chọọ ka m tinyekwa ọzọ ma mgbe m kụrụ aka n'akpa m hụ na ego m agwụmiela na m ga-azụkwanụ ihe nkiri na nkesi si ebe ahụ, m hapụ.

Ejizi m anya nkịtị na-elere ihe niile otu m nwere ike. A nọrọ ebe ahụ ọ dị ka a na-ahụcha New York niile mmiri dị ya n'azụ ya na statutu N.Y. ya. Ụlọ ụlọ dizi ka ebe asha kwụkoro akwụ ha ọnụ, moto a na-ahụzi na-adị ka ogbe oroma. Ihe m jụrụ onwe m bụ, ndị rụrụ ụlọ a ha si olee, olee chukwu nyekwara ha ọgụgụ isi na amamihe ịrụ ihe ha otu a? Ọ dị egwu!!

Ka anyị nọ ebe ahụ okwu ndị e tepuru etepu a na-ekwukwa na-agwa ndị mmadụ na e nwere ihe ndị a na-ere ere; nri, akwụkwọ uwe, akwa, goldu, ihe a kpara akpa, sị na onye chọrọ ha nwere ike inwete ha n'ọnụ ụlọ dị otu a ma ọ bụ na nke ọzọ. O na-arịọkwa ka onye bịachaa laa ka ọ bịakwa oge ọzọ.

Anyị gara n'ebe a na-ere nri na ihe ọñụñụ dị iche iche wee zụrụ ndị nke anyị chọrọ ma buru ha gaa n'akụkụ ebe ha dowechara oche izu ike nọ ebe ahụ wee rie nri ñụọkwanụ ihe ọñụñụ. Ma dị ka onye chọrọ ihuzucha ihe niile (ọ bụghị dị ka nwe enwe na-eme otu ahụ mgbọ tụrụ n'isi), abara m na rest rum ha wee nwetazia onwe m. Agbakwara m tap mmiri nọ ebe ahụ wee sachaa aka m ñụrụtụkwanụ. Otu e si nwee mmiri oyi na mmiri ọkụ ebe ahụ ka e si nwee n'ala ya na ebe niile ndị ọzọ kwa. Otu mmiri si agba n'ala ka o si agba n'elu ụlọ a nke ebe anyị nọ na ya ugbu a dịzị ka ọ bụ n'elu igwe. M nọkwara ebe ahụ ha gaa na telefoonu nọ na ya tinye senti iri (ihe dị ka kọbọ asaa) wee kpọọ otu nwaakwụkwọ m m



kụziiri nke ya na di ya bi na New York oge ahụ. Ọ dị egwu! Mmiri na-agba akwụsịghị akwụsị. Telefoonu na-arụ ọrụ awa iri abụọ na anọ. Ọkụ bụ enwubighi enwubi. Eletrik na-arụ ọrụ oge niile n'enweghị ntamu ma ọ bụ iru mgbarụ nke onye ọ bụla. Ihe m na-ajụzị onwe anyị bụ ndị bi n'ala anyị bụ ihe e ji arụrụ anyị ọkụ na mmiri na eletrik ha bụkwa ndị ọma ya. Ndị rụụrụ nke anyị ha rụzikwara ha nke ọma?

E mesiri anyị azụrụchaa ihe nkesi na ihe mmasị dị iche iche e ji echeta ebe ahụ. Kama na ihe na-adatụ ọnụ ebe ahụ karịa ebe ọzọ. Anyị malitere rịdawakwa otu anyị si rigoro. Ma ka anyị na-arịda ọ dị m ka m nọrọtukwuo. Ma ihe ọ bụla nwere mbido nwekwara ọgụgwụ. Ka anyị rịdaruru ala ya, anyị ahụkwa shọpụ dị iche iche na bankị na ụlọ ahịa niile a na-ere ọtụtụ ihe ga dị ka akwụkwọ, switi, ihe foto, mmanụ isi ọma niile, siga, obere ihe ụmụaka ji egwu egwu na ọ bụladị ndị na-eme ego ọ bụla ị chọrọ gbanwere gbanwere. Ka nke a na-eme ndị bụ foto ụdị ọ bụla nwere aha na-esezi fụrụrum, fụrụrum ndi na-aga hịam hịam hịam eju. Oge anyị rịdachara dị ka ndị si n'elu ugwu evaresti lọdata anyị sekwara foto nke anyị, m see n'akụkụ nke a m gaa ebe ọzọ see. Ihu ụlọ a bụ ihe obi ụtọ ma iriya arị bụkwa ihe añụrị. Kama ọ ka mmadụ ịhụ ya n'anya rịakwa ya arịa karịa ịnụrụ ya n'akụkọ. Ma kama a gaghị eru ebe ọ nọ a gaghịkwanụ ahụ ya ma ya fọdụ iri ya arị, e mee dị ka onye ụwa ịgba moto ya bụ na nrọ. 7-4-02

# Capitol

Onye bịasịrị Imo Steti ma ruteghị Owere bụ isi obodo Imo Steti, ọ dị ka onye richara azụ ma ọ taghị isi ya, ebe ụfọdụ mmadụ kwetara na isi azụ ọma na-enyezu ihe a chọrọ n'ahụ.

Otu aka ahụ kwa onye bịara Naịjirịa ma rughị Legọs ije ya ka hịrị ahị. Ọ gazughị. Ihe ọ pụtara bụ na a sị na m gara U.S. gaa n'elu gaa n'ala ma kpọtụghị ụkwụ n'isi obodo ha ma na-akọ ya, ọ gara idị m ka nri e sichara ma kpunyeghị ya nnu.

Ụbọchị ọzọ anyị nwụụrụ ọkwa n'aka wee chipụ gaa Washington bụ isi obodo ọchịchị nke U.S. niile. Anyị bịarukwara New York, gafee ya ruo New Jersey wee ruzie nnukwu obodo a. Obodo a dị iche na ndị ọzọ isi obodo a bụ Capitol, ka ha na-akpọ ya. Ụlọ dị na Washington etoghị ogo dị ka ụlọ dị na New York ma ọ bụ obodo ndị ọzọ. Gịnị mere nke a?

Anyị ma na onye e sị n'aha ya nweta aha obodo a bụ onye a na-akpọ George Washington. Ka ọ nwụrụ na n'iji na-echeta ya ma ọ bụ na-akwanyere ya ugwu o nwere ụlọ dị ogologo nke e wuru n'aha ya a na-akpọ 'George Washington Memorial Statute'. Ụlọ dị ogologo n'elu ma dị pịnọ pịnọ dị ka kọso e kpuwere ihu n'ala ọdụ ya alaa elu.

N'ihi nsọpụrụ na ịkwanyere mmadụ ugwu ha wee kpebie na ọ dịghị onye ga-arụ ụlọ ma mmadụ nkịtị ma gọmenti ga-arụ ụlọ ga-aka 'statụtue' Washington a elu. Nke a mere ụlọ niile a rụrụ na Washington ji dị ka ha ha ịha. Ha etoghịkwanụ karịa ụkwụ abụọ ma ọ bụ atọ. Ọ bụnadị ụlọ prezidenti ha dị ụkwụ ma ọ bụ okpukpu ụlọ abụọ. Isi obodo ha a bụ Capitol bụ ebe ha nwere nnukwu ụlọ ha dị iche iché, ụlọ ndị ọchịchị ha bụ 'Parliament.' Ka m ruru n'ihụ ụlọ a a hụrụ otu ha si wee ji flawa mara mma wee chọọ ya mma. Ha jikwa ya wee de aha aha ụlọ a. N'aka ekpe



ya ha dere SENATE n'aka nri ya ha edee HOUSE. Ọ kwa flawa a kụrụ n'ala na-acha ọbara ọbara na uhie uhie ka ha ji wee dee ya bụ edide.

Na capitol a e nwekwara ụlọ ebe ndị ọrụ gọmenti dị iche iche dị a na-akpọ sekriterieti, e nwekwara ụlọ ha na-akpọ 'Smisthonian Institute' nke ihe ọkpụ dị iche iche nọ. Ebe ahụ kwa ka ụlọ ha ji eme ncheta niile dị ka 'Jefferson memorial', 'Washington Memorial cemetary' nọcha gburu gburu. E nwekwa otu fildụ dị n'ihu ụlọ 'Senate' ha nke ihe a kpụrụ akpụ n'ọkwa n'isi ya. E jikwara flawa kpụ ọkụ n'ọnụ wee chọọ ya mma nke ukwu. Anọkwa m n'etiti flawa ndị a n'akụkụ ihe a a kpụrụ wee see foto. Na fildụ a ụbọchị ahụ ka ndị na-akụ egwu nọkwa na-edozi ihe egwu ha na-echere ka oge ruo. Ọ ka mma ịhụ ebe a ahụ. N'oge a n'ihi na ọ bụ oge ọkọchị anyanwụ na okpomọkụ dị nnukwu ndị na-ere ahịa nta na imo jụrụ ya. Ndị a na-ere ihe niile bụ ihe mmadụ nwere ike iji mee ihe ncheta na ihe nkesi ha bụ site n'ụwa, akwa, tọọchị, akwụkwọ, iko, pen tamometa, bọọlụ, mbọ, ruo na keekị, biskiti, aịsị kriim na ihe ọ bụla ọzọ nwere aha ndị mmadụ na-enwe mmasị maka ha. Ebe ahụ na-adị ka oge ochie a na-enwe 'empire day' n'ala anyị.

# 12 Arlington Memorial Cemetary

Onye gara Washington ma ọ rughị Arlington memorial cemetary echeghị m na ije ya zuru oke. N'ala anyị ebe a na-eli mmadụ na-abụ ebe a naghị elekọta nke ọma. N'ebe ụfọdụ ọhịa na-erugide ebe ahụ. Mana n'obodo ndị mepeziri, anya ebe a na-eli mmadụ na-abụ ebe a na-achọ mma n'ihi na ọ na-abụ ebe ikpe azụ nke onye ọ bụla, ebe izu ike nke eze na ogbenye. Echere m na ọ dị mma bụrụkwa ihe kwesịrị ekwesị ka a na-achọ ya mma na-edozi ya, kụọ ya flawa mara mma, mee ụzọ ya amaa mma ile anya na ngaghari n'ime ya.

Ihe a kpọrọ 'Arlington Memorial Cemetary' bụ ebe e liri ndị agha ndị Amerika nwụrụla anwụ. Agha ndị ahụ bụ ndị a: 'Revolutionary War, Agha nke 1812, Agha Mexico, Agha Ime obodo ha bụ agha nwanne na nwanne, agha nke ndị gara India lụọ ọgụ, agha ndị Spain na Amerika, agha ndị Philippine, agha ụwa niile nke mbụ na nke abụọ, agha nke ndị Korea na Vietnam. Ndị agha niile nwụrụ na ha ma ndị a ma ama ma ndị a maghị, ndị ukwu na ndị ogbenye ha niile bụ ndị e liri na nnukwu ebe ili mmadụ a. Ala ili mmadụ a di ihe di ka eka otu puku na otu narị. A zụrụ ala ya n'afọ 1778 ma mgbe e ji bido jiri mee ebe ili mmadụ bụ n'afọ 1864. E mesịrị n'afọ 1883 mezichaa akwụkwọ ya nke e jiri nyefee ya n'aka Gọmentị nke U.S. nke ka kwụrụ dọla puku narị na iri ise ($150,000).

Kemgbe ahụ e liela ya ọtụtụ ndị soja ma tinyere prezidenti abụọ ndị U.S. bụ William Howard Taft, na John Fitzgerald kennedy tinyere ebe e liri otu onye soja otu onye soja ndi lụrụ agha ụwa nke mbụ nke abụọ na agha Korea bụ ndị a maghị aha ha nke sọ Chukwu ma ndị ha bụ. A kpọrọ ili ha 'KNOWN BUT TO GOD'. A na-eche ụlọ ili ha nche kwa awa niile n'ụbọchị ọ bụla. Ị gaa oge awa di ka elekere isii mgbe ha na-agbanwe ndị nche na-adi ụtọ n'anya ịhụ ka ha si azọ ije ebe ahụ ma na-egbuchapụrụ ha na ibe ha.

Tutu e jee n'ala ili a, ụfọdụ na-akwụrụla ya ụgwọ ịgba ụgbọ ala na-ebughari mmadụ n'ime ya. Ụgbọ ala ha ka a na-akpọ "Tour-mobile." Ya bụ ụgbọ bụ bọs toro ogologo enyo enyo juru n'ahụ ya. E techara ya agba ọbara ọbara na blue. Onye kwụọ ụgwọ ọ banye chere. Mmadụ zuo ha chipụ bụ ụzọ gaa n'ọfịsị ndị na-elekọta ọba ili ahụ nurụchaa ndụmọdụ ma ọ bụ zụrụchaa akwụkwọ nkọwa na nkiri dị iche iche maka ya. N'ime ọba ili a, ụzọ ya niile e tegbadoro ya kolta. Ebe a na-elighị mmadụ a kụrụ ya bahama bụ ụmụ obere ahịahịa na-eji nwayọọ eto nke a na-sụcha nke ọma dị ka ebe baba kpara mmadụ isi ọhụụ. E tinyekwara pọmpụ mmiri ebe na ebe ọ bụla. Onye gaghariwa ike gwụ ya ọ gbaghee pọmpụ ṅụọ mmiri. Aṅụkwara m mmiri ebe ahụ ma kwọchaakwa aka ọ bụ eziokwu na ndị mụ na ha so sịrị m na ọ nwere ike ịbụ mmiri si ndị nwụrụ anwụ n'ahụ na-apụta. Nke ahụ adighị ihe ọ metụrụ n'ahụ n'ihi na m sịrị na ndị rụrụ ya bụ ala ọba ili alụ ma nke ọma ihe bụ ihe. Ala ili ndị dị ebe ahụ dịcha n'ahịrị n'ahịrị ma jupụta dị ka ijere so n'ahịrị na-aga ọgụ.

A na-ele ya anya ọ na-agba anya mmiri ọ bụladị ka m na-ede ihe na-echeta ya ọ gbara anya mmiri n'ihi na ihe niile nọ ebe ahụ ruruọtụtụ puku bụ mmadụ mmadụ ibe anyị Chineke kere.

N'ọtụtụ ebe e dere aha ndị a ma aha ha na mgbe ha jiri nwụọ. N'ebe ọzọ e dekọtara ha ọnụ dị ka puku mmadụ abụọ otu narị na iri na otu a na-amaghị aha ha nwụrụ n'agha abụọ otu narị na iri na otu a na-amaghị aha ha nwụrụ n'agha nwanne na nwanne, na narị mmadụ abụọ na iri ise nwụrụ n'ọnụ mmiri Lunga n'agwa etiti Solomon n'agha nke ụwa nke abụọ na ọtụtụ ndị ọzọ.

Ndị ukwu ndị a ma ama ndị nke e liri ebe ahụ, e depụtachara ebe e liri ha dị ka.

1. Major Walter Reed U.S.A. Section 3, Lot 1864, grid T-16
2. General Henry H. Arnold U.S.A.F. Section 34, Grave 44-A Grid V-ll
3. William H. Taft. (27th President of U.S.) Section 30, Grave S-14, Grids Y.Z. - 39 1/2

4. Tomb of the Unknown Soldier Grids S-23
5. Lt. J. F. Kennedy U.S.N. (35th President of the U.S.) Section 45, Grave S-45, Grids U-35
6. S2 Robert F. Kennedy USNR (Attorney General U.S. Senator) Special lot 45-A, Grids UV-34.

Ndị a bụ ndị iji maa atụ.

Ebe anyị ji ụgbọ ala nke anyị gaa, anyị jiri ya gbaba ma dobekwa ya ebe ndị ọzọ dobere ụgbọ ala ha ma werezie ụkwụ gagharia otu anyị chọrọ.

Anyị garuru ili ebe e liri Lieutenant John F. Kennedy nke bụ prezidenti nke iri atọ na ise ndị U. S. nke a gbagburu agbagbu. N'ihi ihe o meere ndị America ha liri ya n'ebe ahụ ma mụnye ọkụ n'ebe isi ya n'ala ili nke ya. Ọkụ ahụ na-enwu oge niile. Ha sị na ọ ga na-enwe ruo na ndụ agwụ.

Prezidenti a chịrị naanị afọ abụọ site na 1961 ruo na 1963 tutu ya anwụọ. Ebe e liri ya a gara bọpụta ụmụ ya abụọ ndị buru ya ụzọ nwụọ bụ otu nwoke na otu nwaanyị wee lie ha n'akụkụ ya otu n'aka nri otu n'aka ekpe. E jikwara chen igwe na ọla ọcha wee gbagịde ili ya gburu gburu. E jikwa nkwume nta nkwume nta wụọ mee n'elu ili ya. Ndị nche nọkwa na-eche ili ya nche.

A gafee ili J. G. Kennedy e ruo na nke nwanne ya nwoke bụ Senator Robert Kennedy nke e likwara n'ebe dị iche. N'akụkụ ebe e liri ha e nwekwara nkwume dị ka board sara mbara e ji ede ihe ma deekwa ọkpụrụkpụ okwu pụrụ iche ha abụọ kwụchara mgbe ha dị ndụ nke e ji echeta ha. Anọkwa m n'akụkụ ili J. F. Kennedy wee see foto tinyekwa na nke e setara m dị na slaịdị. Ọ bụ nnukwu ugwu ka ha kwanyere ya.

Ili ndị ahụ ọ na-abụ ndị ma ndị nke ha, mgbe oge ruru ha ga-echeta ọnwụ ha, ndị a nwe ha ma ọ bụ ndị enyi ha na-eje nara ikikere wee were flawa na okoko osisi mara mma wega ebe ahụ ji chọọkwa ili ha mma. Ili ndị ahụ e techara ha agba ọcha ọma na a ne-ele ha e chefuo na ha bụ ebe isi ndị mmadụ tọgbọrọ n'ụra ọnwụ. O were anyị ihe dị ka awa abụọ na



ụma ebe a tutu anyị elegharisịa anya otu anyị nwere ike bịa puta bụrụkwa ụgbọ ala anyị ma pụọ ebe ahụ.

Ka anyị rukwara n'ọfịsị ndị na-eche ọba ili ahụ nche ha nyere anyị akwụkwọ dị iche iche kọwara maka ili ahụ ma anyị azụrụkwa ụfọdụ n'ihe na ha na-eji ego edozi ebe ahụ. Ụzọ ya niile dịkwa ọcha. E nwekwara ihe e ji etinye ihe ntufu na ihe ruru inyi ebe niile. N'ihi ya na dị ka ndụ ha dị a naghị atụfu ihe ọ bụla, ọ bụladị akwụkwọ aịsịkrịim otu ọ si masị onye ọ bụla. Ihere ga-eme onye ahụ. Onye a hụrụ na-atụfu ihe ọ bụla na-etinyeghị ya n'igbe ihe iru inyi a gaghị ele onye ahụ anya ọma.

O nwere ihe ụfọdụ ha na-atụ anya ya maka ndị bịara ile ọba ili ahụ:

1. A gaghị eji ọba ili ahụ emere ebe nnọkọ nke ịtaghasị eze.
2. Ndị ọbịa agaghị emechu ala ya ma ọ bụ gbubie, ma ọ bụ kụrụ ma ọ bụ merụọ osisi ọ bụla ma ọ bụ flawa ahụ ma ọ bụ kpaa agwa igosị na ha achọghị ịkwanyere ili ndị ahụ ugwu kwesịrị ebe dị otu ahụ.
3. A ga-eji ụmụ ururu flagị nta wee chọọ ili ndị ahụ mma ihe dị ka awa iri abụọ na anọ n'ụbọchị na-esota ụbọchị ncheta ndị ahụ. A ga-ewepụkwa flagị ndị ahụ ma ụbọchị ncheta ahụ gaa. A agaghị achọkwa flagị ndị ahụ n'ụbọchị ọzọ n'elu ili ọ bụla.
4. Flawa ndi a kụtara akụta a ga-enwe ike ịtụkwasa ha n'elu ili mgbe ọ bụla. E nwere ike ịdọwa flawa ndị dị n'ite otu izu ụka tutu isịta eruo. E nwere ike itinye flawa ndị e jiri aka mee site n'abalị iri n'ọnwa Oktoba ruo n'abalị iri na ise n'ọnwa Eprel. A gaghị achọ flawa aka mere site mgbe ahụ ruo n'abalị itolu n'ọnwa Oktoba. A chọghị ihe ndị a kpụrụ akpụ, ọkụ, glasị na ihe mgbochido n'oge ọ bụla. A gaghị ekedo ihe dị ka waya ma ọ bụ ihe ọzọ n'isi ili n'oge ọ bụla.
5. Amamọkwa gbasara mgbe a ga-eji na ụzọ a ga-esi bupu ụmụ ihe flawa na-adị n'ọfịsị ọba ili a.
6. Ndị bịara maka nlere anya ili ndị a ga-esite n'ụzọ e mere maka ndị ụkwụ ma ọ bụ ji ụgbọ ala a a kpọrọ "Tourmobiles". Ebe a na-edobe ụgbọ ala nnọkwa maka ebe ndị ọbịa.

Ndị ọbịa bịara ileta ala ili onye ha ma ọ bụ enyi ha ga-anata nwa mpe mpe akwụkwọ ikikere maka oge ahụ. Ha ga-enwe ike ịkwọba ụgbọ ala ha ma dobekwa ya ebe ndị ọbịa na-edobe ụgbọ ha.

Ndị chọrọ inweta akwụkwọ ikikere maka ịga mgbe ha chọrọ maka enyi ha ma ọ bụ onye nke ha e liri ebe ahụ ga-enweta ya site n'idegara ndị a akwụkwọ:

Office of the suprintendent,

Arlington National Cemetary,

Arlington,

Virginia 22211,

U.S.A.

Otu a ka ndị a si wee hazichaa ebe ha liri ndị ha, ndị hụsirile ha anya wee lụọrọ ha ọgụ na ndị meere ha nnukwu ihe baara obodo ha uru ma nyekwa ya ugwu. E meziri ha ebe anya mmiri ya aghọọ ebe nkiri.

*Okwu nke John F. Kennedy nke e dere n'ili ya bụ nke a:*

N'ihi ya ụmụ Amerịka ibe m

Unu ajụla ihe obodo unu ga-emere unu.

Jụọnụ ihe unu ga-emere obodo unu

Ụmụ ibe m ndị ụwa, unu ajụla

Ihe Amerịka ga-emere unu

Kama ka anyị jikọta aka ọnụ

Ka anyị mara ihe anyi ga-eme

Maka ọdịma nke mmadụ niile.



# 13 White House

Dị ka anyị si nwee ụlọ Obi nke Ọnịcha bụ ụlọ a ma ama na ọ bụ ụlọ onye eze ndị Ọnịcha, otu aka ahụ ka e ji mara "Buckingham Palace" bụ ụlọ a ma ama ebe eze ndị ala Bekee na-ebi.

Otu aka e si nwee ụlọ eze ndị a ka ndị America si nwee ụlọ ebe onye na-achị ha bụ Prezidenti ha bi. Ụnu ma na ọ bụ n'afọ 1979 ka Naịjirịa ji weee malite ọchịchị nke onye isi ya bụ Prezidenti. Anyị ji n'aka ọ bụ usoro ọchịchị ndị America ka Naịjirịa lere anya wee bido nke ha. Ọ bụ n'ụlọ Prezidenti nke America bi ka a na-akpọ "White House". D. ka aha ya ụlọ ya dị ọcha n'ezie. E ji agba ọcha wee tee ya nke mere na ọ na-acha zaa.

N'ihu ya e nwekwara fildu na ụlọ ndị gbara fildu ahụ gburu gburu. E nwekwara pọmpụ ọgba mmiri gịrị gịrị dị iche iche. Mmiri ndị a nwere ụzọ dị iche iche ha si agbali elu ma na-agbadakwa. Ụmụ ihe ndị a kpụsịrị akpụ dịcha na fildu ahụ ma bụrụkwa ebe ụmụ mmadụ na-anọ ezu ike akpa nkata. Ọ bụghị sọ ụmụ mmadụ na-akpaghari ebe ahụ. Ụmụ anụmanụ sokwa. Ọsa na uze nne ya dịcha ebe ahụ na-amaghari site n'otu osisi ndị dị ebe ahụ ruo ibe ha. Na ndị garala London nke bụ isi obodo England wee jee hụ "Trafalgar Sọuare" na "Nelson's Column" ha gaa ebe a ọ ga-adị ha ka ọ bụ na "Trafalgar Sọuare" nke London ka ha nọ.

Mgbe "Tinubu Sọuare" nke Lagos na-ewu ewu dị ka mgbe mmiri ya na-agba a na-akpachapụrụ ya, o yibere nwantịntị otu ogige chere ihu na "White House" nke ndị Amerịka dị.

E nwere otu ụlọ nkwari na oriri dị n'Owerri a na-akpọ "White House". Ụlọ a dịkwa ọche dị ka "White House" nke America ma ebe e wuru nke Owerri dị ntarị na mkpawarara iji tụọ nke America Onye isi

ala anyị ọ bụladị gọvanọ anyị ebighị na nke Owerri a.

Ọtụtụ ụlọ gbakwara "White House" nke America gburugburu ma ọ bụ dị ya nso. Ụfọdụ ụlọ ndị a na-ewuewu ndị ọzọ bụ "Washington Monument", bụ ihe e wuru e ji echeta George Washington onye nke e kworo n'ihi ya baa isi obodo ndị Amerika a Washington. Ewurewu a e ji echeta George Washington toro ogologo. N'ijikwa na-akwanyere onye isi mbụ ndị America a ugwu nyere iwu ka ụlọ ọ bụla a ga-ewu na Washington ghara ito ogologo gafee ewurewu a. Nke ọzọ bụ "Capitol" ụlọ isi obodo ha na ụlọ nzụkọ na ụlọ ikpe, "National gallery of Art", "Jefferson Memorial", "Lincoln Memorial", "Smithsonian Institute" nke nwere nchebe na ụlọ ọkpụ ihe dị iche iche. Ụlọ na-ewuewu ndị dị ebe a gbara "White House" ha gburu gburu ka mma ịhụ n'anya karịa idị na-agụ, maka ha. Ma ha niile n'otu n'otu ọ dịghị nke toro ogologo tokarịa "Washington Monument."

"White House" a n'onwe ya dị ụkwụ ụlọ abụọ mana mbara ezi na ụlọ ya buru ibu nke ukwu. Mgba mmiri pompụ dịkwa n'ihu ya na-agba mmiri kwa awa, kwa ụbọchị akwụsịghị aksụsị. Falawa dịkwa n'ihu ụlọ a gburu gburu ya bụ e lewe e jeghị ọrụ. Kọlọ nile e nwere ike ịhụ na-egosipụtacha onwe ha na falawa ndị a. O kweghị m ilere ha sọ n'anya.

Agara m nso e wee see m foto gosipụta falawa ndị a na mma ha. Achọkwara m ime ka m jide otu ọsa n'ime ụmụ ọsa na uze ndị ahụ ma ha gwara m na o megidere iwu ijide ha. Kama emekwara m ka m na-ejide otu n'ime ha e wee sekwa m foto. Ọsa na uze ndị ahụ aghọọla ezigbo enyi na ike ndị mmadụ. Ilelebe ha na-enye obi ụtọ. Ka ha si eme na-akpakwa ọchị.

Igaru "White House" ndi America a dị ebube. N'ụbọchị ole n'izu ha na-ekwekwa onye ọ bụla bịara chọrọ iba n'ụlọ ahụ ka ọ baa n'ime ya ga lelee ya. Onye ahụ ga-enwe ike iba gazuo n'ihina ọ bụ ego ndị ọha na eze, ego taksị ha ka e ji wu ya. Onye ahụ ga-enwe ike iba n'ebe ọ bụla n'ụlọ ahụ ma e wezụga ebe ndina na ime ime ụlọ nke Prezidenti n'onwe ya. Nke a na-egosipụta otu ụzọ ụzọ ndụ nd. America ji dị iche na nke ndị ọzọ. 'White House" bụ ụlọ ọcha n'ezie. Abaghị m ya n'ime n'ihina ụbọchị



ahụ abụghị ụbọchị a na-ekwe mmadụ nkịtị baa n'ime ya. Ụbọchị ahụ prezidenti n'onwe ya bụ Jimmy Carter na-enwe ọgbakọ ya bụ oge ha na-achụ nta votu maka ọchịchị ọzọ.

Mgbe m na-akọ maka "White House" na ụlọ ndị dịgasị ya nso akpọtụrụ m aha "Washington monument" na "Jefferson memorial", "Washington monument" a bụ a kpụrụ akpụ toro ogologo, ma piakụkwa ọnụ tụwa ya n'igwe ọtụtụ ndị ọrụ na ọfịsị dị iche iche nọ ebe ahụ. A si na ihe karịrị puku mmadụ na-arụ ebe ahụ. Ọ bụ a kpụrụ akpụ e ji echeta George Washington Prezidenti America mbụ. "Jefferson Memorial bụ ụlọ e wuliri ọ dị elu ma nwee ogidi ogidi gbara ya gburu gburu e ji echetakwa akatịikọ nwoke bụ Jefferson onye nke mere ka aha America wuo ewuo. America e sikwa otu ahụ mee ka aha ya wee ghara ịbụ ihe e chefuru echefu ma ọlị.